CHUKWU NNA GWARA
ỤMỤ YA OKWU

Ozi Chukwu Nna kpọpụtaara Nne Eugenia Elisabetta Ravasio

Onye Ntụgharị: Anayọchukwu Leonard Okoli

Kpọtụrụ Onye Nkesa:

Emmanuel Uchechukwu Nwankwọ
(Otu Nke Chukwu Nna, Naịjirịa)
e-mail: thefatherspeaks.africa@yahoo.com
Akara ekwentị: +2348054462455/ +2348068877874

Ụmụ nne m na ụmụ nna m, ọ bụ mmasị anyị ka onye ọ bụla nara Okwu Chukwu dị ka onyinye, iji weta ọṅụ na udo. Anyị anaghị arịọ gị ka ị kwụọ ego e ji bipụta akwụkwọ a ma ọ bụ zụrụ ya. Ọ bụrụ na ị chọrọ isonye n'ụmụazụ Nna, ma wee mmasị ịkwụ ụgwọ mbipụta Ozi a n'asụsụ dị iche iche, biko anyị ga-anabata nkwado gị, n'ihi na a nyụkọọ amịrị ọnụ, ọ gbọọ ụfụfụ. Anyị enweghị ọkpụrụkpụ ego, kama anyị ji amara ya adị ndụ.

Ụgbọ-azụ akwụkwọ:
Ihe eserese dabara adaba dị ka Nne Eugenia siri rịọ mgbe ọ hụsịrị ọtụtụ ọhụ

Okwu Nkọwapụta

"Chukwu bụ Nna m!"A na-anụkarị mkpu a n'ụwa taata: ndị mmadụ amalitere ịchọpụta na Chukwu bụ Nna n'ezie.

N'ihi nke a, anyị chere na ọ bụ oke na ọrụ anyị ibipụta ozi a - bụ nke Ụka kwadoro ka a tụlechara ya ogologo oge - bụ Okwu Chukwu Nna nyere ụwa site n'aka Sista Eugenia Elisabetta Ravasio, onye hụrụ Ya n'anya nke ukwu.

Anyị chere na o kwesiri ekwesi ịkọwapụta akwụkwọ a site n'ikwupute aka-ebe nke Nnukwu Ụkọchukwu Alexandre Caillot, onye jibu ọkwa Bishọp nke Grenoble, gbara na ngwụcha ọrụ nnyocha malitere n'afọ 1935, nke nwere otu Bọọdụ ndị ọkachamara otu nzuko si ebe dị iche iche na France afọ iri.

Ndị otu a gụnyere Vicar General nke Nnukwu Ụkọchukwu ndị Grenoble, Msg. Guerry, ndị ọkachamara nkuzi nke Okwukwe, ndị Brother Ke Jesuit, Ụkọchukwu Albert na Auguste Valencin, bụ ndị ọnụ na-eru n'okwu n'ihe gbasara mmụta miri emi na nkuzi nke Okwukwe, bụ ndị maara ihe ekwe na-akụ n'ụdị okwu ahụ; tinyere ndị dibịa Oyibo abụọ, nke otu n'ime ha na-agwọ isi mgbaka.

Ka anyị hanyenụ mgbasa Ozi a n'aka Nne anyị dị asọ bụ Virgin Mary, ma site na Ya kpalite Mmụọ Nsọ, iji nyere ndị mmadụ aka ka ha ghọta umeala dị ọkpụ nke Nna nwere n'ebe onye ọ bụla n'ime anyị nọ.

Ụkọchukwu Andrea D'Ascanio, OFM Cap.
NNE EUGENIA ELISABETTA RAVASIO

Onye bụ Nne Eugenia, onye Chukwu Nna kpọrọ "Ada m hụrụ n'anya", "Obele osisi m"?

N'echiche obi anyị, Nne Eugenia bụ otu n'ime nnukwu ìhè nke oge anyị, obele onye amụma nke Ụka ọhụrụ, n'ebe Nna nọ n'etiti na isi nke okwukwe. Ọ bụ ihe nke Chukwu nyere ụwa ugbu a ọ nọ n'ọgbaaghara na ọchịchịri, ka anyị wee hụ ụzọ ahụ anyị ga-esoro.

A mụrụ ya n'obodo San Gervasio d'Adda (nke a maara ugbu a dị ka Capriate San Gervasio), nke bụ obele obodo dị n'ogbe Bergamo dị na mba Italy n'ụbọchị nke anọ n'ime ọnwa September n'afọ 1907, n'ime ezinụụlọ enweghị tụrụ rachaa.

Ọ gụdebere akwụkwọ naanị n'elementrị. Ka ọ rụtụrụ ntakịrị ọrụ n'ime afọ ole na ole, ọ banyere n'Otu nke Our Lady of the Apostles, ebe ọ nọrọ chawapụta, nke mere ka a họpụta ya dị ka Nne-Ọra (Mother General) nke Otu ahụ mgbe ọ dị naanị afọ iri abụọ na ise.

E wepu ibi ndụ n'ime mmụọ, ọrụ ndị ọ rụrụ n'obodo ezuola iji debanye aha ya n'ime akụkọala. N'afọ iri abụọ ọ rụrụ ọrụ ụka, o mepere ụlọ nzuko dị iri asaa - nke ọ bụla nwere ụlọ ahụike, ụlọ akwụkwọ na ụlọ ụka - n'ime obodo ndị dịgasị n'Afrịka, Asia na Europe.

Ọ bụ ya chọpụtara ọgwụ mbụ e ji agwọ ọrịa ekpenta, bụ nke ọ kụchapụtara na mmịmị osisi toro n'oke ọhịa. Ndị Pasteur Institute nke Paris mechara nyochaa ma mepute ọgwụ ahụ.

Ọ kwadoro otu nke Raoul Follereau, bụ ndi ṅomiri ezi mkpụrụ ya, e wee mara ha dị ka ọgbakọ ndị ekpenta.

N'agbata afọ 1939 ruo afọ 1941, o cheputara, hazie ma wulite ụlọ ọzụzụ ndị ekpenta a kpọrọ "Lepers' City" n'Azopte (Ivory Coast). Ụlọ ọzụzụ ahụ, bụ maka ilekọta ndị ekpenta, buru nnukwu ibu ma nọrọ n'ime obosara ala ruru skwee mịta nari puku abụọ. Ruo taata, ụlọ ọzụzụ ahụ ka bụ ọkpọkopị n'Afrịka na mba ụwa. Iji gbaa ya ume n'ọrụ, mba France buuru ugwu kachasị elu n'obodo nye Otu Missionary Sisters of Our Lady of the Apostles, ebe Nne Eugenia nọ dị ka Onye-isi site n'afọ 1935 ruo n'afọ 1947.

N'ụbọchị nke iri n'ọnwa August nke afọ 1990, Nne Eugenia gakwuuru Nna. Ihe nketa-oke kachasị o nyere anyị bụ Ozi nke si n'aka Nna ("Chukwu Nna gwara ụmụ Ya Okwu"), nke bụ naanị ihe mkpughe nke onwe Chukwu Nna mere n'onwe Ya, bụ ihe Ụka nabatara dị ka ihe dị mma mgbe e nyochasịrị ya n'afọ iri. Ọ dị mkpa idepute na Chukwu kpọpụtaara Nne Eugenia Ozi a n'afọ 1932 n'asụsụ Latịn, nke bụ asụsụ edoghị ya anya. N'afọ 1981, anyị chọpụtara Ozi a n'ụzọ pụrụ iche, ma bipụta ya n'asụsụ Italy n'afọ 1982, ka Ozi a gbagoro afọ iri ise.

N'ebe Ozi a butere ọtụtụ ọgwụgwọ nsọ nke amara, anyị amalite ikesa akwụkwọ ya n'efu, tụmadị n'ụlọ mkpọrọ, ụlọ-obibi ndị soja na ụlọ ahụike. Ekene dịrị Chukwu onye anyị si n'enyemaaka Ya bipụta Ozi n'asụsụ ndị a: French, Bekee, German, Spanish, Portuguese, Dutch, Albanian, Polish, Romanian, Czech, Slovak, Russian, Ukrainian, Korean, Arab, Hungarian, Tamil, Gujarati na Marathi. Ugbu a na-agba mbọ ịtụgharị Ozi a n'asụsụ China, Japan na asụsụ ndị ọzọ.

Na mbido akwụkwọ a, anyị na-ebiharị Aka-ebe nke Mgr. Alexandre Caillot, Nnukwu Ụkọchukwu nke Grenoble.

AKA-EBE NKE RIGHT REVEREND A. CAILLOT, NNUKWU ỤKỌCHUKWU NKE GRENOBLE, GBARA

KA Ọ NATARA AKWỤKWỌ MKPESA E JIRI MEE NCHỌPỤTA N'OKWU BANYERE NNE EUGENIA

Dị ka Nnukwu Ụkọchukwu nke Grenoble, e kpebiri m ịmalite nnyocha n'okwu banyere Nne Eugenia kamgbe ọ gatachara afọ iri. Ugbu a, ozi m natara ezuola iji gbaa aka-ebe, dị ka Nnukwu Ụkọchukwu, n'ihu ndị Ụka.

1. Ihe mbụ pụtara ihe kpọmkwem n'ime nnyocha ahụ bụ na anaghị enyo ezi omume Nne Eugenia enyo.

Bido na mmalite njem echichi Ụka ya dị ka Sista, ndị isi ya ji adịmaasọ, irube isi na umeala mara ya.

N'oge ọ nọ ọzụzụ echichi Ụka, ọtụtụ ihe ịrịbaama pụrụ iche malitere mewe, nke tụrụ ndị isi ya n'anya, bụ ihe mere ka ha chọọ ịgbara ya ụgbọ nwa mkpị. Mana ka ha tụlesịrị omume ya pụrụ iche, ha kagburu ebumnoobi ha. N'oge a na-enyocha ya, Sista Eugenia ji ndidi na umeala nabata nnyocha ahụ ya niile; na-aza ọtụtụ ajụjụ ngọrịngọ metutara okwukwe na ahụike ma na-anabata ọtụtụ ihe ọgbata-uhie na nsogbu. Ndị niile nyochara ya toro ya n'ihi na isi ruru ya ala.

Ọtụtụ ihe gosiri na Sista ahụ nwere ikike izipụta ezi omume n'atụghị ụjọ. Dị ka ndị ọkachamara na nkuzi nke okwukwe siri kọwaa, irube-isi ya pụtara ihe n'oge Ụkọchukwu Auguste Valencin nyochara ya n'ọnwa June nke afọ 1934, tinyere umeala ya n'ajọ ụbọchị nke iri abụọ n'ọnwa December nke afọ 1934.
Mgbe ọ bụ Superior General, achọpụtara m na ọ na-arụsị ọrụ ike - ma jiri ọrụ ya kpọrọ ihe - n'agbanyeghị na ọ tara akpụ

tinyere na ọ dịghị nkwadobe - mana ọ bagidere ya n'ịhụnanya o nwere maka mkpụrụobi, Otu ya na Ụka. Ụdị ike mmụọ o ji anagide nsogbu dị iche iche na-atụ ndị maara ya n'anya dị ka o si atụ mụ onwe m.

Enwere m mmasị n'ezi omume ya, tinyere etu o si ezipụta ike ọchịchị ya. Ihe ọzọ dị ịrịbaama bụ na onye agụghị akwụkwọ dị ka ya bịara nọdụ n'ọkwa dịkarịsịrị elu n'Otu ha. Naanị nke a gosiri na o nwere ihe dị ịtụnaanya, ma n'otu aka ahụ, gosikwa ihe ịrịbaama, dị ka nchọpụta Vicar General Mgr. Guerry siri kọwaa n'ụbọchị a họpụtara ya. Azịza a natara n'aka ndị otu si mpaghara dị iche iche, ndị nnọchite-anya nzuko dị iche iche kọwara na ha na ahọpụta Nne Eugenia dị ka Superior General - n'agbanyeghị na ọ bụ nwata tinyere ọtụtụ ihe ọgbatuhie dị n'echichi, nke kara ime ka a kagbuo nhọpụta ya. Nke a bụ maka na o nwere ezi akọ na uche, obi umeala, ike-ọrụ na ịdị uchu. Ọ bụ ire ọma ndị ahụ ka ya bụ ejula jiri gafere n'ogwu, tinyere na nwaanyị olu ọma, di ya anaghị ajụrụ ya nri. Ha bụ ihe ndị a hụrụ anya bịara karịa olileanya ndị họpụtara ya.

Ihe ọzọ m chọpụtara bụ na amamiihe ya tọrọ atọ. Ekwuru m na mmụta ya ezughị oke, mana nke a bụ ọdachi butere ya: nne ya rịara ọrịa ogologo oge, nke mere ka ọ malite ilekọta ezinụụlọ anya site na nwata ya, ma na-akwụsị akwụkwọ ọtụtụ oge. Tupu ọ banye n'ọzụzụ echichi Sista, ọ rụọla ọrụ ọtụtụ afọ n'ụlọ mmepute ngwa ahịa dị ka onye na-ekwe akwa.

N'agbanyeghị ọgbatuhie ndị a, nke na-ezipụta onwe ha n'akanka edemede na nsupe okwu ya, Nne Eugenia enyela ọtụtụ nkuzi n'ogbe ya. Ọ dị mkpa ikwupute na o ji aka ya edepute ọtụtụ akwụkwọ ịma-ọkwa na ọrụ-ngo nke o nyere ndị

ọchịchị ogbe ma ọ bụ kụansụl ọchịchị, dị ka o siri gbasata ịrụ ọtụtụ ụlọ ahụike nke Our Lady of the Apostles. O kpokọtakwara akwụkwọ ntụzi-aka dị ogologo. Ọ na-ahụta ọnọdụ ọ bụla nke ọma ka a ga-asị na ọ bụ amamikpe nke ime mmụọ. Nkuzi ya na-edo anya, dị mkpirisi ma dị mfe itinye n'ọrụ. Ọ maara onye ọ bụla n'ime ụmụ ada ya nke ọnụọgụ ha ruru otu puku na narị anọ, ma mara akparamaagwa na ezi omume ha; nke a mere ka o nwee ike ịhọpụta ndị bụ ọka-ibe n'ịrụ ụfọdụ ọrụ.

Ọzọkwa, ọ maara n'onwe ya ihe bụ mkpa na akụrụngwa nke ndị Otu ya chọrọ. Ọ maara ọnọdụ ụlọ ọ bụla ma na-agazu nzuko ya dị iche iche.

Anyị chọrọ ịkọwapụta mmụọ ịhụ-ụzọ ya. O mere ka ụlọ ahụike ma ọ bụ ụlọ akwụkwọ niile weta ndị sista bụ ịgba, tinyere ihe ọ bụla ha chọrọ. Ọ masịrị m ikwupute na Nne Eugenia dị ka o nwere mmụọ ikpebi ihe, na ichepute ihe. O ji naanị afọ isii wulite ụlọ akwụkwọ dị iri isii na asaa n'ọnụọgụ, ma wee ike ịkwalite ọnọdụ obibi-ndụ ndị Otu ya.

Ọ bụrụ na m agbado ụkwụ naanị n'amamiihe ya, ume na ike ọchịchị ya, nke a bụ maka na ha dị m ka ha karịrị ganiganị niile a kpọrọ banyere nkwenye ezighi ezi, ọtụtụ ihe ndufie ụzọ, ndụ ime mmụọ, isi mmebi ma ọ bụ isi ezughị oke. Ihe ndị a niile bụ ihe e nyochara ma bụrụ ihe ndị enyeghị ezi nkọwa juru afọ.

Ndụ Nne Eugenia na-ezipụta na isi zuru ya oke oge niile, nke ndị nnyocha chọpụtara na ọ bụ isi sekpu ntị n'ime ùgwù ya. Ntụziaka ndị ọzọ banyere ike nchekwa ya mere ka ndị

nnyocha chee na ikekwa ọ bụrụ na ha bu mmanya na-aga ebe mmemme adịghị, maka na mbọ ha dị ka mmadụ iticha aka n'akpụkpọ ehi. Ihe ndị ọzọ mere ka ha kagbuo atụmatụ ha bụ ọtụtụ ihe ndị a na-ahụ anya n'ụbọchị ọ bụla. Ị maara na ihe a hụrụ n'anya, ama anaghị agba ya, tinyere na nke m nụrụ na ntị bụ asị mana nke m hụrụ n'anya na-abụkarị eziokwu. N'agbanyeghị na Nne Eugenia nwere onyinye nchọpụta, o jighị ya mee ka onye ọ bụla rite erere n'ụzọ ekwesighị ekwesi, ma ọ bụ kwe ka mmetuta mmadụ dufie ya ụzọ. Ọ na-amapụta atụmatụ ọrụ dị iche iche, nke ndị ọzọ na-enye nkwado n'ihi echiche ya tọrọ atọ. Iji maa atụ: Ụbọchị na-esote nhọpụta ya dị ka Superior General, ọ kpọlitere ndị Superior ya mana o gbughị oge n'ịgbawe otu n'ime ha, onye binyeere ya aka, bụ onye chọpụtara na a kagbuola mkpọlite ya site n'akwụkwọ ozi e nyere ya mgbe ọ batara na mba Egypt.

2. Ebumnoobi nzuko nke dị ka e nyere ya Nne Eugenia n'aka dị mkpirisi, tinyere na e si na nkuzi nke okwukwe nyochaa ya, ahụrụ m ya dị ka ihe dabara adaba ma meekwa n'oge a tụrụ anya.

Ebumnoobi ya kpọmkwem bụ ime ka a mata ma kwanyere Chukwu Nna ùgwù, site n'emume pụrụ iche nke ndị Ụka na-akwalite. Nchọpụta ahụ zipụtara na oriri ụka iji kwanyere Nna ugwu ga-adaba n'emume ndị Katọlik gbaa gburugburu. Ọ ga-adaba n'usoro ekpere ndị Katọlik, nke na-agakwuru Nna, site na Nwa na Mmụọ-nsọ, dị ka o siri dị n'ekpere Misa dị asọ, tinyere irunyere Nna achịcha na mmanya n'oge Ịchụ Aja dị Asọ.

Ka o si na dị, ọ gbara gharịị ịchọpụta na o nweghị emume pụrụ iche e ji akwanyere Nna ugwu. A na-akwanyere Ịtọ N'ime Otu Dị Ngọzị Ugwu etu o kwesiri, Okwu E mere Ahụ na Mmụọ-nsọ na-eweta ugwu site na nzuko ha na ọtụtụ ihe ngosi a na-ahụ anya. Naanị Nna bụ onye enweghị mmemme pụrụ iche iji mee ka ndị otu Kristi mata Pesin Ya. Ọ bụ nke a butere e jiri nyochaa ndị kwere ekwe ogologo oge wee chọpụta na "Amaghị Nna, o nweghị onye na-ekpere Ya, o nweghị onye na-eche echiche banyere Ya." Nke a metutara ma ndị ukwu ma ndị nta, tinyere ọtụtụ ndị Ụkọchukwu na ndị ọzọ chiri echichi ụka. Nchọpụta ahụ gosiri n'ịtụnanya na ọtụtụ ndị otu Kristi nọtere aka n'ebe Nna nọ, n'ihi na-ahụta Ya dị ka onye ọka-ikpe afọ tara mmiri. Ha na-asakụrụ Kristi n'ihi abụm-mmadụ Ya. Ma mmadụ ole na-arịọ ka Jesu napụta n'iwe nke Nna!

Emume pụrụ iche ga-enye aka họgharịa ọnọdụ ime mmụọ nke ọtụtụ ndị otu Kristi, ma mee ka ha lọghachi azụ na nkuzi nke Onyenweanyị: "Ihe ọ bụla unu rịọrọ Nna n'aha M ..." tinyere "Unu ga-ekpe ekpere etu a: "Nna anyị ..."'

Oriri Ụka e runyeere Chukwu Nna bara uru iji lekwasị Nna anya, bụ Onye ahụ James dị asọ kpọrọ "Nna nke ìhè, Onye ihe niile si n'aka Ya abịa ..." Ọtụtụ mkpụrụobi ga-enwe udo ma ha cheta ịdị-mma nke Chukwu na amara nke Nna.

N'ezie, ha ga-aghọta na amara bụ nke Chukwu, Ịtọ N'ime Otu Dị Ngọzị ahụ, tinyere na ọ bụ n'ihi abụm-Chukwu Ya, nke dịkwa ire nye Pesin Atọ, ka Chukwu ji na-ekesa ụwa niile ihe onyinye ebere Ya dị omimi.

Na mbụ, ọ ga-adị ka o nweghị ihe pụrụ iche iji kwanyere Nna n'onwe Ya ugwu. Mana ọ bụghị Nna bụ Onye zitere Ọkpara Ya n'ụwa? Ọ bụrụ na ọ dị nnukwu mma ịkpọ isi ala nye Chukwu Nwa na Chukwu Mmụọ-nsọ n'ihi ihe ngosi ha a na-ahụ anya, ọ bụ na ọ dịghị mma ma kwesi ekwesi inye Chukwu Nna ekele, dị ka Akwụkwọ-Ozi Ndubanye n'ime Misa dị asọ siri chọọ, n'ihi onyinye Nwa Ya O nyere anyị?

Ebumnoobi nke emume a pụrụ iche doro anya: ọ bụ maka ịkwanyere Nna ugwu, iji kelee Ya, iji too Ya n'ihi na O nyere anyị Nwa Ya, dị ka Isi Mbido nke Nzọpụta anyị; iji kelee Ya, Onye hụrụ ụwa n'anya nke ukwu wee zite naanị Nwa Ya ọ hụrụ n'anya, ka mmadụ niile zukọta n'Ahụ Kristi dị Omimi, ma sonyere Nwa wee bụrụ ụmụ Ya. Ugbu a ọtụtụ nkwenye nke ụwa, ekpemchi na ndụ ọgbaraọhụrụ na-adọgbu ndị mmadụ, ma mee ka ha ghara ịmata Chukwu, ezi Chukwu ga-esi n'emume a pụrụ iche mee ka ọtụtụ mmadụ mata Chukwu dị ndụ, Chukwu dị ebere na ịhụnaanya, Onye Jesu kpugheere anyị. Ọ bụ na ọ gaghị enye aka kwalite ọnụọgụ ndị na-ekpere Chukwu "n'ime mmụọ na n'eziokwu", dị ka Jesu siri rụtụ aka?

Ugbu a, ọtụtụ agha dị egwu na-etisa ụwa niile, mgbe ụwa na-achọ ihe njikọta dị ọkpụ, nke ga-akwalite mmekọrịta mmadụ na ibe ya, emume a ga-achawapụ dị ka ìhé dị egwu. Ọ ga-akụziri ndị mmadụ na ha niile nwere otu Nna nọ n'eluigwe: Onye nyere ha Jesu, nke Ọ na-esite na Ya na-anabata mmadụ dị ka ndị otu Ahụ Ya dị Ebube n'ịdịkọ n'otu Mmụọ-nsọ nke Ịhụnaanya! Mgbe ọtụtụ mkpụrụobi dagoro mba site na mkpagbu nke agha, ha nwere ike na-enwe agụụ nke ndụ ime mmụọ. Ọ bụ na ụdị emume a agaghị akpalị ha "site n'ime obi" ka ha fee Nna, Onye zoro Onwe Ya, ma jiri onwe ha chụọrọ

Nna aja, Onye naanị Ya bụ isi mbido nke ndụ Ịtọ N'ime Otu dị Ngọzị?

Ọ bụ na ọ gaghị akwalite njem nke ndụ ime mmụọ, nke na-eme ka ọtụtụ mkpụrụobi jiri nchekwube ụmụntakịrị, lekwasị Nna anya, site n'irube isi n'uche Nna, na inwe mmụọ nke okwukwe?

N'aka nke ọzọ, nsogbu ọzọ ga-adapụta, ma e wepu emume pụrụ iche na ihe Ụka ga-ekpebi n'ime ya bụ ihe gbasara okwukwe. Ụfọdụ ndị riri amusu n'ihe ọmụmụ Akwụkwọ-Nsọ ekpebiela na e kwesiri ka e nyochaa nke ọma okwukwe banyere etu mkpụrụobi na Ịtọ N'ime Otu dị Ngọzị siri emekọrịta, tinyere na o nwere ike ịbụ ụzọ nke ọtụtụ mkpụrụobi ga-esi mata ihe banyere ndụ n'ịdịkọ n'otu nke Nna na Nwa, nke Jọn dị asọ kwuru maka ya, ma site n'iketa oke na ndụ Jesu, Nwa nke Nna, tụmadị ịhụnanya Ya n'ebe Nna nọ.

Mana, e wepu ihe mkpalite nke ọmụmụ Akwụkwọ-Nsọ, ihe m chọrọ izipụta ebe a bụ nke a: nwa-agbọghọ enweghị tụrụ rachaa, onye amụmighị Akwụkwọ-Nsọ, kwuputere na ya na-anata ọtụtụ ozi n'aka Chukwu, na ozi ndị ahụ juputere n'ihe mmụta nke okwukwe.

Ọtụtụ ihe ọhụụ sitere n'aka ọchaghịgbute anaghị ezu oke, ma ha anaghị enwe otu nghọta. Ka o si na dị, ozi nke Chukwu hanyere Nne Eugenia n'aka na-amịta ezi mkpụrụ. E nwere ezi mmekorịta dị n'etiti isiokwu abụọ dị iche, nke na-akwado ya dị ka eziokwu. Na mbụ, e zipụtara ya dị ka ọdịnaala Ụka, nke enweghị ọtụtụ ihe ọgbaraọhụrụ a na-enyo enyo, n'ihi na ọ na-ekwupụta oge niile na ihe dum ezuola oke mgbe Kristi

kpughere Nna Ya, tinyere na ihe niile zuru oke n'Ozioma. Mana n'aka nke ọzọ, o kwuputere na e kwesiri ka e nyochaa, mụgharịa ma nabata nnukwu eziokwu banyere ịmata Nna.

Ọ bụ na ụkọ akarangwa iji chọpụta okwukwe dị etu a, tinyere ụdị ozi a na-ezi egosighị na o nwere ọkaaka na ihe karịrị ọnatarachi kpalitere sista izisa ozi a? Ahụbeghị m etu mmadụ ga-esi kọwaa ihe nchọpụta nke si n'aka sista, bụ nke nwere ndị ọkachamara Akwụkwọ-Nsọ ogologo oge ịchọpụta na o nweghị atụ, ma bịakwa na-amịta ezi mkpụrụ.

E nwere eziokwu ọzọ nke dị m ka ihe ịrịbaama: mgbe Sista Eugenia kwuputere na ya na-anata ọtụtụ ihe ọhụụ n'aka Nna, ndị ọkachamara Akwụkwọ-Nsọ na-enyocha nke a zara ya na e nweghị ike ịnata ikike ọhụụ n'aka Nna, tinyere na nke ahụ emetubeghị n'akụkọ.

Ume adaghị Sista mba mgbe a na-arụ okwu a ụka, kama o ji nkenke okwu kwupute na "Nna gwara m ka m kọwapụta ihe m hụrụ. Ọ gwara ụmụ Ya, ndị ọkachamara Akwụkwọ-Nsọ ka ha chọọ."

Nnukwu onye ọka-mmụta nke Ụka nyere aziza doro anya banyere ndịiche dị n'etiti ọhụ na nzube. Nke a wepuru ihe ọgbatauhie nke na-emegide nchọcha ahụ. Mgbe ndị oke amamiihe maara Akwụkwọ-Nsọ mara ya aka n'ihu, obele Sista agụghị akwụkwọ zipụtara na ihe ọ na-eme doro ya anya. Kedu etu anyị ga-esi kọwaa, n'okwu nke a, ikike Sista n'ịhụ ụzọ, amamiihe na ndọga ya? Ọhụụ adịgbịrịja kaara ịgba mbọ nabata nkọwa ndị ọkachamara Akwụkwọ-Nsọ. Mana Sista

katara obi ma guzoro n'enweghị obi abụọ. Ihe ndị a so n'ihe anyị jiri kwenye n'akaebe ya.

Ka o si na dị, ihe dị ịrịbaama bụ akparamaagwa ya banyere ihe ndị dị ịtụnaanya n'okwu ahụ. Nne Eugenia adighị ka ndị ọchaghịgbute, ndị na-ebuli ihe dị ịtụnaanya n'elu ma hapụ ịhụ ihe ọzọ karịa ihe ndị ahụ, kama ọ na-edobe ha n'akụkụ dị ka ihe ịgba-ama, dị ka akụrụngwa. Enweghị ọnọdụ mbuli elu, kama ihe niile ha nhatanha.

Aga m ga-arụtụ aka naanị na nchọcha nke ndị ọkachamara Akwụkwọ-Nsọ. Ụkọchukwu Albert na Auguste Valencin bụ ndị nwere ugwu n'ihi amamiihe ha banyere mmụta miri emi na Akwụkwọ-Nsọ, tinyere mmụta ha tọrọ atọ n'ime ndụ ime mmụọ. A chọrọ ka ha sonye n'ime ụdị nchọcha ndị a.

Anyị maara na ha ji anya egbe enyocha ihe, nke mere ka anyị họpụta ha maka ọrụ a. Anyị na-ekele ha etu ha siri dị uchu ma jiri otu obi rụọ ọrụ. Akaebe ha gbaara sista dị ịrịbaama, n'agbanyeghị na mkpebi ha apụtaghị n'oge n'ihi ọtụtụ ihe ntụle na obi ịda mba. Mana ka ha tinyechara ọtụtụ ihe mgbagha dị iche iche, ma jụcha sista ọtụtụ ajụjụ tara akpụ, ha jiri nwayọ nwayọ nabata okwu ahụ.

NCHỊKỌTA

Site na mkpebi nke uche na mkpụrụobi m, tinyere ọnọdụ ọrụ m n'ebe Ụka nọ, ana m ekwupute na ọ dị m ka ike nke Chukwu abụ naanị nkọwa doro anya iji kọwaa okwu a.

E kewapụ ya n'ihe ndị ọzọ metutara n'okwu a, ọ dị m ka ọ bụ ihe dị mkpa, dị ike, ma juputa n'ihe nke Chukwu: na sista na-akpọlite mkpụrụobi dị iche iche ka ha fee Nna ezi ofufe, dị ka Jesu siri kuzie nakwa etu e siri detuo ya n'akwụkwọ nkuzi Ụka. O nweghị ihe ọjọọ dị n'ime ya; ọ dị mfe ma dabakwa na nkuzi Ụka.

E nwere ike ikewapụ ihe ịtụnaanya dị n'ime okwu a, mana a ka ga-echekwa uru niile ọ bara. Ụka ga-ekwupute ma a ga-enwe emume pụrụ iche kwụụrụ onwe nke ga-adị iche na nke e ji echeta sista ahụ.

Ekwenyere m na ihe ịrịbaama pụtara ihe na nzube sista ahụ gosiri onwe ya n'etu o si etinye n'ọrụ ọmarịcha nkuzi nke okwukwe na ndụ ọ na-ebi, nke bụ ihe ọ na-echetara anyị.

Ekwenyere m na o ziri ezi ịhapụ ya ka ọ rụrụ ọrụ ya gawa n'ihu. Ekwenyere m na aka Chukwu dị n'ime ya. Ka ọ gatachara afọ iri e bidoro mebe nchọcha, nchịgharị uche na ekpere, ana m agọzị Nna, Onye ọ bụ mmasị ya iji ogbe ọchịchị nke Ụka m zipụta ịhụnaanya Ya.

Alexandre Caillot
(Nnukwu Ụkọchukwu nke Grenoble n'oge e wetara Ozi a)

OZI SITERE N'AKA NNA

NKEBI NKE MBỤ

OZI SITERE N'AKA NNA - NKEBI NKE MBỤ

July 1, 1932

Oriri maka Ọbala Dinwenụ anyị Jesu Kristi Dị Oke Ọnụ

N'ikpeazụ, n'ebe a, e nwere ụbọchị dị ngọzị ebeebe, ụbọchị Nna nọ n'igwe kwere na nkwa! Taata, ogologo ụbọchị niile e ji akwadobe agaala, ọbịbịa nke Nna na Nna mmadụ niile wee na-eru nso, na-abịarute nso.

Ekpere m ekpere ntakịrị oge wee jupute n'ọnụ ime mmụọ! Ihe bụ mkpa m bụ ịhụ Ya ma nụ olu Ya!

Mkpụrụobi m, nke juputere n'ịhụnaanya, ji obi-ụtọ meghee, nke mere ka m chọpụta na, ruo mgbe ahụ, o nweghị onye m si etu ahụ tụkwasị obi.

Echiche m na-eche banyere Nna mere m ka a ga-asị na aṅụrị na-apụ m ara.

N'ikpeazụ, amalitere m ịnụ ukwe. Ndị mmụọ-ozi bịara ikwupute ọbịbịa na-enye ọnụ! Ukwe ha atọka nke mere ka m malite idetu ha etu nwere ike.

Ka ukwe ahụ kwụsịrị, ndị batara bụ cherubim na seraphim nke igwe, tinyere Chukwu, Onye Okike anyị na Nna anyị.

Ehunatara m ala, kpudo ihu n'ala ma banye n'abaghị uru nke onwe wee malite ikpe "Ekpere Katịna". Ozigbo ahụ, Nna gwara m nọdebe Ya nso, ma dèé ihe O kpebiri ịgwa ndị mmadụ.

N'oge ahụ, ndị ọka-ikpe nke eluigwe niile so Ya wee safuo. Naanị Nna nọnyeere m, ma tupu Ọ nọrọ ọdụ, O kwuru sị: "Agwala m gị na mbụ ma ugbu a ana M ekwu ya ọzọ: Agaghị M enyekwa Ọkpala M hụrụ n'anya n'oge a iji zipụta ịhụnaanya M n'ebe mmadụ nọ! Ugbu a, ana M abịa iji ụdị ha na ndụ ogbenye biri n'etiti ha ka M hụ ha n'anya ma mee ka ha mata ịhụnaanya nke a. Lee, ugbu a ana M ewezuga okpu-eze M na ugwu M niile iji dị n'ụdị mmadụ nkịtị!"

N'ebe Ọ nọzị n'ụdị mmadụ nkịti site n'idote okpu-eze na ụgwu Ya n'ala ụkwụ Ya, O bulitere ite ụwa ma jiri Aka ekpe jide ya n'Obi Ya. Ugbu a, ọ nọdụrụ ala n'akụkụ m. Enwere m ike ikwu ntakịrị okwu maka ọbịbịa Ya na ọdịdị Ya, tinyere ịhụnaanya Ya! Enweghị m okwu iji zipụta ihe Ọ gwara m, n'ihi na agụghị m akwụkwọ.

Ọ gwara m, "Udo na nzọpụta dịrị ụlọ nke a na ụwa niile. Ka íké M, ịhụnaanya M na Mmụọ-nsọ M kpalite obi mmadụ, ka ndụ niile nara nzọpụta ma bịakwute Nna, Onye na-achọ ndụ, hụ ya n'anya ma zọpụta ya!"

Ka ụkọchukwu m bụ Pius XI ghọta na oge ugbu a bụ maka nzọpụta na ngọzị. Ka o jiri ohere a kpalite uche ndị mmadụ n'ebe Nna ha nọ, nke bụ Onye na-abịa inyere ha aka na ndụ a wee kwadọbe ha maka aṅụrị ebeebe.

Ahọrọla m ụbọchị taata iji malite ọrụ M n'etiti mmadụ maka na taata bụ oriri nke ọbala Nwa Atụrụ dị Oke Ọnụ. Ọ bụ nzube M irunye ọrụ nke M na-amalite ugbu a n'ime Ọbala a, ka o wee mịta ezi mkpụrụ n'etiti mmadụ.

Nke a bụ ezi ebumnoobi ọbịbịa M:

1. A na-abịa ịchụpụ óké égwù nke ihe M kere eke nwere n'ebe m nọ, ma gosi ha na ọṅụ M na-ezu òkè ma ụmụ M, ya bụ mmadụ niile nọ kịta ma n'ọdịniihu mata M ma hụ M n'anya.

2. Ana M abịa inye mmadụ na mba niile olileanya. Kedu mmadụ ole nke a funarịrị kamgbe! Olileanya nke a ga-eme ka ha biri n'udo n'atụghị egwu, wee na-arụ ọrụ maka nzọpụta ha.

3. Ana M abịa iji mee ka a mata M etu M dị, ka ntụkwasị obi na ịhụnaanya nke mmadụ nwere n'ebe Mụ bụ Nna ha nọ wee bawanye. Naanị otu ihe bụ mmasị M: ilekọta mmadụ niile anya ma hụ ha n'anya dị ka ụmụ M.

Onye sere ihe eserese nwere ọṅụ mgbe ọ na-atụle ihe o sere. N'otu aka ahụ, enwere M ọṅụ na mmasị ịbịa n'etiti mmadụ, ọkachamma n'ihe M kere eke!

Oge na-aga. Achọrọ M ka ndị mmadụ jiri ngwangwa mara na M hụrụ ha n'anya ma na-enwe oke ọṅụ n'ịnọnyere ha wee na-akparịta ụka dị ka Nna na ụmụ ya.

Abụ M Onye dị Ebeebe, ma mgbe M nọ naanị M, echeelarị M iji íké M niile kee mmadụ n'oyiyi M. Mana ebu M ụzọ kee ihe

e ji enyere ndụ aka, ka mmadụ hụ ihe ọ ga-eji dị ndụ; ọ bụ n'oge ahụ ka m kere ụwa. Emejuputere M ya n'ihe niile M maara nke ga-adị mmadụ mkpa: ikuku, anyanwụ na mmiri, tinyere ihe ndị ọzọ M maara dị mkpa maka ndụ ha. N'ikpeazụ, e kere mmadụ! Aka-ọrụ M juru M afọ. Mmadụ mehiere, mana ọ bụ mgbe ahụ kpọmkwem ka amara M dị ọkpụ zipụtara onwe ya. N'akwụkwọ Agba-Ochie, ekere M ma họta ndị amụma ka ha biri n'etiti mmadụ. Ọ bụ ha ka M na-agwa ọchịchọ-obi M, iru-uju M na ọṅụ M, ka ha kwusaara onye ọ bụla.

Ka ihe ọjọọ na-abawanye bụ ka ịdị mma M na- akpalite M ka M kpọtụrụ ndị mkpụrụ-obi ha dị ọcha iji kwuputere ndị na-ebute ọgbaghara iwu M. Lee, mgbe ụfọdụ ana M emesi ha ike, iji dọọ ha aka na ntị, ọ bụghị ịta ha ahụhụ - nke kaara imebi ihe - mana ọ bụ iji wezuga ha n'ihe ọjọọ ma dugara ha Nna ha na Onye Okike ha, onye nke ha chefuru ma jiri enweghị afọ ojuju leghara anya. O mechara ajọ ihe ejupute n'obi mmadụ n'ụdị nke kpalitere M itinye ụwa n'ọgbaghara, ma jiri ahụhụ, mmebi akụnụụba ha na ọnwụ wụchaa mmadụ. Nke a gụnyere Oke Ide Mmiri, mmebi obodo Sodom na Gomora, ọtụtụ agha mmadụ na-ebuso ibe ya, wdg.

Ọ bụ mmasị M ịnọ n'etiti mmadụ n'ime ụwa a. Ya mere n'oge nke Oke Ide Mmiri, anọdebere M Noah, nke naanị ya dị mma n'oge ahụ. N'oge ọgbaghara ndị ọzọ, ana M achọpụta naanị otu onye dị mma, onye M ga-anọnyere ma site n'ime ya biri n'etiti ndị mmadụ n'oge ahụ, ma ọ bụ etu ahụ ka ọ na-adịgide.

A na-asachapụ ụwa n'ihe ọjọọ oge niile n'ihi amara M dị ọkpụ n'ebe mmadụ nọ. Ana M ahọta mkpụrụ-obi ụfọdụ, ndị masịrị

M, n'ihi na ana M esi n'ime ha enwe ọṅụ na mmadụ M kere eke.

Ekwere M ụwa nkwa Onye Nzọpụta. Emere M ihe dum M nwere ike iji kwadoo ọbịbịa Ya, site n'igosi Onwe M n'ime ihe nọchitere Ya, nke mere puku afọ ole na ole tupu ọbịbịa Ya!

Ma onye bụ Onye Nzọpụta nke a? Ebee ka O si bịa? Gịnị ka Ọ ga-eme n'elu ụwa? Onye ka Ọ na-anọchite?

Onye Nzọpụta bụ Chukwu.

Onye bụ Chukwu? Chukwu bụ Nna, Nwa, na Mmụọ-nsọ.

Ebee ka O si bịa? Ma ọ bụ onye nyere Ya iwu ịga biri n'etiti mmadụ? Ọ bụ M, Nna Ya, Chukwu.

Gịnị ka Ọ ga-eme n'elu ụwa? Ọ ga-eme ka a mata Chukwu Nna wee hụ Ya n'anya.

Ọ bụ na O kwughị sị:

"Ọ bụ na unu amaghị na aga M anọrịrị n'ụlọ Nna M" ("Nesciebatis quia in his quae Patris mei sunt oportet me esse?" Lk 2:49)

"Abịara M ime naanị uche nke Nna M"

"Ihe ọ bụla unu rịọrọ Nna n'aha M, Ọ ga-enye unu."

"Unu ga-ekpere Ya ekpere etu a: 'Nna anyị nọ n'eluigwe ...', tinyere na kamgbe Ọ bịara inye Nna itito wee mee ka mmadụ mara Ya, O kwuru sị: "Onye hụrụ M, ahụla Nna."

"Anọ M n'ime Nna ma Nna nọkwa n'ime M"

"Ọ dịghị onye ọ bụla ga-abịakwute Nna, ma ọ bụghị site na M" ("Nemo venit ad Patrem nisi per me" St. John 14:6).

"Onye ọ bụla nke Mụ na Ya nọ, Ya na Nna nọkwaazị", wdg.

Ka mmadụ cheta n'ụwatụwa niile na e nwere M naanị otu mmasị: ime ka mmadụ mata Mụ Onwe M wee hụ M n'anya. Achọrọ M ịnọnyere ha ebeebe.

Unu achọrọ ezi ihe ịgba-ama maka ọchịchọ-obi M nke M kwuputere ugbu a?

Kedu ihe M jiri nye Moses iwu ka ọ rụọ igbe ọgbụgba-ndụ, ma ọ bụrụ na ọ bụghị ịbịa binyere mmadụ M kere eke, dị ka Nna, nwanne na ezi enyi? Nke ahụ bụ mmasị M. N'agbanyeghị nke a, ha echefuola M ma megide M site n'ọtụtụ mmehie. Enyere M Moses iwu M iji chetara ha ọchịchọ-obi M ịzọpụta ha, n'agbanyeghị na M bụ Chukwu, Nna ha. Ha kwesiri ịsọpụrụ iwu M ma cheta na nzube Nna, Onye ịdị mma Ya enweghị njedebe, bụ nzọpụta ha ugbu a na ebeebe. E chefuru ihe ndị a niile, mmadụ abanye n'ime mmehie na égwù, ma chee na ọ tara akpụ idowe iwu ndị ahụ dị ka M siri zie ha site n'aka Moses. Ha mapụtara iwu ndị ọzọ masịrị ha, ndị ga-adị ha mfe idowe. N'ime ajọ egwu ha nwere n'ebe M nọ, ha ji nwayọ nwayọ chefuo M ma kpọọ M ajọ asị.

N'agbanyeghị nke a, ịhụnaanya M n'ebe mmadụ bụ ụmụ M nọ enweghị nkwụsị. Mgbe M chọpụtara na o nweghị ma ndị nna Agba-Ochie ma ndị amụma mere ka mmadụ mata M wee hụ M n'anya, ekpebiri M ịbịa n'Onwe M.

Mana, kedu etu ga-esi bịa n'etiti ha? O nweghị ụzọ karịa ịbịa n'Onwe M, site na Pesin nke abụọ n'ime Ịtọ N'ime Otu dị ngọzị.

Mmadụ aga-amata M? Ha aga-ege M ntị?

O nweghị ihe ọdịniihu zoro ezo n'ihu M. Mụ Onwe M zara ajụjụ abụọ ndị ahụ:
"Ha ga-eleghara ọbịbịa M anya, n'agbanyeghị na ha ga-anọ M nso. Ha ga-emekpa M ahụ site na Nwa M, n'agbanyeghị ihe ọma dum Ọ ga-emere ha. Ha ga-ekworo maka Nwa M kwugide M, ha ga-akpọgbu M iji mee ka M nwụọ."

Aga M akagbu ọchịchọ-obi M maka nke a? Mba, Ihụnaanya M nwere n'ebe ụmụ M, mmadụ, nọ karịrị akarị. Akwụsịghị m ebe ahụ. Ghọta nke ọma na M hụrụ gị n'anya karịa Nwa M hụrụ n'anya, ma ọ bụ karịa Mụ Onwe M.

Ihe M na-agwa gị bụ eziokwu, nke na ọ bụrụ na otu onye n'ihe M kere eke kwụrụ ụgwọ mmehie ndị ọzọ site n'ibi ndụ ma nwụọ ọnwụ etu Nwa M siri mee, akara M ịda mba. Maka gịnị? Ọ bụ n'ihi na ereela M ihụnaanya M site n'ime ka ihe M kere eke nke M hụrụ n'anya taa ahụhụ karịa ịta Onwe M ahụhụ site na Nwa M. Ọ bụghị ọchịchọ-obi M ime ka ụmụ M taa ahụhụ.

Na nchịkọta, nke a bụ akụkọ banyere ịhụnaanya M tupu ọbịbịa M n'etiti mmadụ site na Nwa M. Ọtụtụ mmadụ maara ihe ndị a mere eme, mana ha apụghị ighọta ihe dị mkpa: na ịhụnaanya bụ isi sekpu ntị n'ihe niile!

N'ezie, ọ bụ ịhụnaanya. Ọ bụ nke a ka M chọrọ ka unu mata. Ugbu a, echefuola ịhụnaanya nke a. Achọrọ M ichetara unu banyere ya, ka unu wee ike ịmata M etu M dị, ka unu hapụ ịdị ka ndị ohu wee na-atụ Nna egwu, nke bụ Onye hụrụ unu n'anya nke ukwu.

Unu ahụla ya, n'ime akụkọ a, anyị rụtụrụ aka n'ụbọchị nke mbụ dị n'ime narị afọ (senchuri) nke mbụ, ma ọ bụ mmasị M iwelite ya n'oge ugbu a, nke bụ narị afọ nke iri abụọ (20th century).

Oh! Etu mmadụ siri chefuo ịhụnaanya M dị ka Nna! Mana ahụrụ M unu n'anya n'ụdị enweghị atụ! N'ime Nwa M, ya bụ n'ime Pesin nke Nwa M e mere mmadụ, gịnị ka M emebeghị! Ekpuchiri Abụm-Chukwu n'ime ahụ mmadụ, ọ takpọọ, daa ụbịam ma nara ihere. Site na Nwa M bụ Jesu, ebiri ndụ nke ịchụ aja na ọrụ. Anaara M ekpere Ya, ka mmadụ nwee ike iji udo sogide ezi ụzọ ma bịakwute M, n'enweghị nsogbu!

N'ezie, aghọtara M ebe niile ụmụ M si agafie ụzọ! N'ihi nke a, agwara M Nwa M ka Ọ kọwaara ha etu ha ga-esi bilie mgbe ha daruru ala. Ihe ndị a ga-enyere ha aka n'ịwụchapụ onwe ha na mmehie ha, ka ha nwee ike ịbụgide ụmụ nke ịhụnaanya M. Ha bụ, ọkachasị, Sakramentị Asaa. Ma ụzọ nke Obe bụ ọka-ibe iji chọta nzọpụta gị, n'agbanyeghị ugboro ole ị

dara. A ga-awụsa gị Ọbala Nwa oge niile, ma ọ bụrụ mmasị gị, ma n'ime Sakramentị nke Ọpịpịa ma n'Aja dị Nsọ nke Misa.

Ụmụ m hụrụ n'anya, enyefere M unu ihe onyinye ndị a ókè site n'amara pụrụ iche nke narị afọ iri abụọ, mana ha amịtaghị ezi mkpụrụ! Kedu mmadụ ole n'ihe M kere eke, ndị bụ ụmụ nke ịhụnaanya M site na Nwa M, bụ ndị ji ọsọ ọsọ dabanye na ndagwurugwu ebeebe! N'ezie, ha amatabeghị amara M enweghị njedebe; ahụrụ M unu n'anya nke ukwu!

Ọbụladị gị, onye maara na M na-abịa ịgwa gị okwu, iji mee ka ị mata ịhụnaanya M, maka ihi gị, atụfule onwe gị. Abụ M Nna gị!

Ọ bụ ihe pụrụ ime ma ị kpọchaa M Nna gị ma zipụta ịhụnaanya gị n'ebe M nọ, ị bịa hụta n'ime M obi dị ike enweghị ebere nke ga-eme ka ị laa n'iyi?

Mba, mba, ekwenyela na ya! Abụ M Nna kachasị Nna ndị ọzọ! Amaara M ebe ihe M kere eke si eri mperi. Bịakwute M, jiri okwukwe na ịhụnaanya bịa! Aga M agbaghara gị, ma i chegharịa. Ọ bụrụgodu na njọ gị na-eji oji dị ka unyi, okwukwe gị na ịhụnaanya gị ga-eme ka M chefuo ha, ka a hapụ ịma gị ikpe! Abụ M onye ikpe nkwụmọọtọ, n'ezie, mana ịhụnaanya na-akwụ ụgwọ ihe dum!

Gee ntị nwa M. Ka anyị tụlekọrịta ọtụtụ ihe, ka i wee mata ịhụnaanya M. N'ebe M nọ, njọ unu dị ka ígwè, ma omume ịhụnaanya unu dị ka ọla-edo. Ọ bụrụ na i nye M igwe dị otu puku paụnd, ọ gaghị adị ka inye M naanị iri paụnd ọla-edo!

Ya bụ na a ga-eji naanị ntakịrị ihụnaanya kpochapụ ọtụtụ mmehie.

Nke a bụ otu ụzọ dị mfe iji tụlee etu M ga-esi kpee ụmụ M, mmadụ niile ma onye ukwu ma onye nta ikpe. Ọ bụ iwu na unu ga-abịakwute M. Anọ M unu nso! Unu ga-ahụrịrị M n'anya ma sọpụrụ M, ka a hapụ ikpe unu ikpe, ma ọ bụ e jiri ihụnaanya dị ebere enweghị njedebe kpee unu ikpe.

Enwela obi abụọ! Ọ bụrụ na Obi M adighị etu a, a kaara imebi ụwa n'oge ọ bụla o mere njọ! Mana dị ka ị hụrụla, ana M ezipụta nchekwa M oge ọ bụla site n'amara na ọtụtụ úrù. Unu ga-eji nke a kpebie na e nwere Nna, Onye kachasị nna niile, Onye hụrụ unu n'anya ma Ọ gaghị akwụsị ihụ unu n'anya, ma ọ bụrụ mmasị unu.

Abịara m n'etiti unu n'ụdị abụọ: Obe na Oriri Nsọ!

Obe bụ ụzọ M si gbadata bịa binyere unu dị ka Nna si ebinyere ezinụụlọ Ya, maka na ọ bụ site na ka M jiri mee ka Nwa M gbapụta unu. N'ebe unu nọ, Obe bụ ụzọ iji bịakwute Nwa M, ma site na Nwa M wee bịakwute M. E wepu ya, unu enweghị ike ịbịakwute M, maka na mmadụ na-ebutere onwe ya ntaramahụhụ nke ịgbakụta Chukwu azụ site n'ime njọ.

Ana M esi n'Oriri Nsọ biri n'etiti unu dị ka Nna na ezinụụlọ Ya. Ọ bụ mmasị M ka Nwa M guzobe Oriri Nsọ, iji mee ka ụlọ nchụaja ọ bụla bụrụ ụgbọ ngọzị M, ọba-akụ M na ihụnaanya M nye mmadụ, nke bụ ụmụ M.

Ụzọ abụọ ndị a ka M ji eme ka íké M na ebere M enweghị njedebe na-erukwasị unu ebighiebi oge niile.

...Ugbu a, egosila M gị na Jesu Nwa M nọchitere M n'etiti mmadụ, tinyere na ana M ebinyere ha oge niile site na Ya, achọkwaaziri M igosi gị na ana M ebinyere unu site na Mmụọ-Nsọ.

Ọrụ nke Pesin atọ n'ime Ịtọ N'ime Otu dị Ngọzị na-eji nwayọ zipụta onwe ya, ma ọtụtụ mgbe, mmadụ anaghị amata ya. Dị ka M siri mara, ọ bụ ụzọ dabara adaba iji bi ndụ, ọ bụghị naanị n'ụlọ nchụaja, mana n'ime obi ndị niile nọ n'ọkwa gratịa, iji wulite ụlọ-obibi M n'ime ha, ma biri n'ime ya mgbe ọ bụla, dị ka ezi Nna hụrụ ụmụ ya n'anya, na-echekwa ma na-enyere ha aka. O nweghị onye ghọtagoro ọchịchọ-obi nke abụm-Chukwu M: ka mmadụ niile, ma ndị ezi omume ma ndị ome-njọ, mata Obi Nna, hụ Ya n'anya ma kwanyere Ya ùgwù. Ọ bụ ihe onyinye atọ ndị a ka M chọrọ ịnata n'aka mmadụ dị ka ùgwù, iji mee ka M na-egosi ebere na ịdị-mma M oge ọ bụla, ma n'ebe onye mmehie tara ọjị n'ahụ.

Kedu ihe M emebeghị n'ebe ndị nke M nọ malite n'Adam ruo na Josef, nna Jesu n'elu ụwa, tinyere na site n'oge nke Josef ruo n'oge ugbu a, mmadụ kwesiri inye M ÙGWÚ PỤRỤ ICHE, bụ nke kwesiri M dị ka Nna ya, Onye Okike na Onye Nzọpụta! Ka o si na dị, anatabeghị M nsọpụrụ pụrụ iche nke M na-atụ anya ya ma nwee mmasị n'ime ya nke ukwu!

N'akwụkwọ Ọpụpụ, ị gụtara na ọ bụ iwu ịsọpụrụ Nna. A ga-ahụkwa ihe nkuzi a n'Abụọma Devid. N'iwu nke M ji aka M nye Moses, ekwusiri M ike sị: "Ị gaghị enwe chi ọzọ belụsọ

M." Ọ dị mma, kama na ịhụnaanya na ịkwanye ugwu bụ ihe abụọ na-agakọrịta. Dị ka M si ekponye unu ọtụtụ uru, iwu bụ na a ga-akwanyere M ugwu n'ụzọ pụrụ iche!

Ọ masịrị M íkè unu n'oyiyi M, site n'inye unu ndụ. Ya bụ na obi unu nwere mmetụta dị ka nke M, ma nke M dịkwaazị ka nke unu!

Kedu ihe ị gaghị eme, ma ọ bụrụ na onye agbataobi gị meere gị ntakịrị ọgọ? Mmadụ enweghị mmetụta ma ọlị ga-enye onye ahụ ekene ebighebi. Onye ọ bụla ga-agba mbọ ịchọta ihe ga-enye óké ọnụ, iji kwụghachi ụgwọ ọrụ. Ezie, aga M enyekarị gị ekene, site n'ikwe gị nkwa ndụ ebeebe, ma ọ bụrụ na i meere M ntakịrị ọgọ, nke bụ ịkwanyere M ugwu dị ka M siri rịọ.

Amaara M na unu na-esi na Nwa M na-akwanyere M ugwu, mana n'ezie, ọnụọgụ unu dị ntakịrị. Anaghị M eche na unu anaghị akwanyere M ugwu site n'ugwu nke nyere Nwa M! N'ezie, unu na-akwanyere M ugwu dị ka M si biri n'ime Nwa M! Ya bụ na ihe ọ bụla na-enye Nwa M otito na-enyekwa M otito!

Mana ọ ga-amasị M ịhụ ka mmadụ na-akwanyere Nna ya na Onye Okike ya ugwu pụrụ iche. Mgbe unu na-aga n'ihu n'ịkwanyere M ugwu, unu na-enyekwa Nwa M ugwu, maka na dị ka o siri bụrụ uche M, ọ bụ OKWU AHỤ E MERE AHỤ, ma bịa biri n'etiti unu, iji mee ka unu mara Onye ahụ zitere ya.

Ọ bụrụ na unu amara M, unu ga-ahụ M n'anya, tinyere Nwa M hụrụ n'anya karịa etu unu si eme ugbu a. Lee, ọtụtụ n'ime ihe okike M, nke sitere n'ihe omimi nke Nzọpụta bụrụ ụmụ M esoghị n'igwe atụrụ nke M kwadobere mmadụ site na Nwa M. Ma mmadụ ole, dị ka i siri mara, chọpụtara maka igwe atụrụ ndị ahụ. Kedu ole ihe M jiri aka M kee bụ ndị M maara ma gị onwe gị amaghị, nke na-amaghị Aka kpụrụ ha!

O o! Ọ bụ mmasị M ime ka ị mara ụdị Nna Ji ike niile nke M bụ ma chọọ ịbụ n'ebe ihe ndị ahụ M kere eke nọ site n'èrèrè M. Achọrọ M iji ìwú M mee ka ndụ ha tọkarịa ụtọ. Achọrọ M ka i jiri aha M gakwuru ha, ma gwa ha banyere M.

E e, gwa ha na ha nwere Nna, Onye chọrọ inye ha ọtụtụ ihe ọma, n'ebe O kere ha. Gwa ha na M na-eche banyere ha, ahụrụ M ha n'anya ma chọọ inye ha aṅụrị ebeebe.
O o! Ana M ekwe gị nkwa na ntọghe ndị mmadụ na-abịa nso.

Kwenye, ọ bụrụ na unu amalitelarị ịkwanyere M ugwu pụrụ iche site n'oge ndị Ụka agba-ochie, mmadụ ole na ole kaara ịdị na-efe arụsị, ma na-eme mpụ na ajọ ihe dị iche iche nke ga-edubanye ha n'ọkụ ala mmụọ ebeebe n'oge ugbu a bụ narị afọ iri abụọ. Lee, a ka nwere ọtụtụ ọrụ fọdụrụ ka a rụọ!

OGE NKE M ERUOLA! Iwu bụ na mmadụ ga-amata M, hụ M n'anya ma kwanyere M ugwu, n'ụdị na M kere ha, aga M abụ Nna ha, Onye Nzọpụta ha na isi aṅụrị ha ebeebe.

Ruo ugbu a, ekwuola M ihe ị maara. Ọ bụ mmasị M ichetara gị ha dum, ka o doo gị anya na M bụ ezi Nna, ọ bụghị onye na-enyi egwu, dị ka i si kwenye; tinyere na abụ M Nna nke

mmadụ niile dị ndụ ugbu a na nke ndị M ga-eke ruo na njedebe ụwa.

Ọzọ kwa, matakwa na ọ bụ mmasị M ka a mata M, hụ M n'anya, ma nke kachasị bụ ịkwanyere M ugwu.

Ka onye ọ bụla chọpụta amara M dị ebeebe n'ebe mmadụ niile nọ, ọkachasị ndị mmehie, ndị ọrịa, ndị na-anwụ anwụ na kwa ndị niile nọ n'afụfụ.

Mee ka ha mata na M chọrọ naanị otu ihe: ịhụ ha niile n'anya, inye ha amara M, ịgbaghara ha mmehie ma ha chegharịa, tinyere ọkachasị iji ebere M, ọ bụghị ikpe nkwụmọọtọ M, kpee ha ikpe, ka a zọpụta mmadụ niile, ha esonye na ndị M họtara.

Iji pịachie mkpirisi ozi a, ana M ekwe gị nkwa nke ga-adịgide ire ebighiebi. Ọ bụ nke a: Jiri ntụkwasị-obi na ịhụnanya kpọkue M n'aha nke Nna, ma ị ga-eweta ihe niile n'aka Nna nke a site n'ịhụnanya na ebere Ya.

Ọ bụ mmasị M ka nwa M, nna nke okwukwe gị, nwee ike ịrụ ọrụ maka otito M, ma detuo n'ahịrịokwu n'ahịriokwu ihe nke M kpọpụtaara gị, ka mmadụ hụ ya dị ka ihe dị mma na mfe ịgụ, nke bụ ihe M chọrọ ka ha mara.

N'ụbọchị ọ bụla, aga M agwa gị mmasị M banyere mmadụ, banyere aṅụrị M, iru-uju M, tinyere ọkachasị na aga M egosi mmadụ ịdị-mma M dị ebeebe na ịhụnanya M enweghị atụ.

Aga M achọ ka ndị isi gị nye gị ikike ịnọnyere M n'oge ezumiike gị ka i jiri ọkara awa n'ụbọchị ọ bụla wee tasie M obi ma hụ M n'anya. Ị ga-eji n'aka na obi mmadụ, obi ụmụ M dị njikere ịgbasa ozi a nke M kpugheere gị ugbu a, ka i weta ntụkwasị-obi nke Nna, ọnye chọrọ ka ụmụ Ya hụ Ya n'anya.

Achọrọ M ka i jiri ụbọchị gị niile mee nchịharị uche, ka a gbasa ozi a na mba niile n'oge eteghị aka, ka ndị a hanyere ya n'aka hapụ iri mperi n'ụdị ọ bụla. Ị ga-enwe ọṅụ ma i kwughị ọtụtụ okwu n'ebe ndị mmadụ nọ. Ma ị nọrọgodu n'etiti ndị mmadụ, ị ga na-agwa M okwu ma na-anụ olu M n'ime ala obi gị.

Nke a bụ ihe ọzọ M chọrọ ka i mee: mgbe ụfọdụ M na-agwa gị okwu, ị ga-edetu okwu M n'ime ntakịrị akwụkwọ. Ma site n'ime ya, ọ bụ nzube M ịgwa onye ọ bụla okwu: ebidebere M ha nso karịa etu nne siri bidebe ụmụ ya.

Kamgbe e kere mmadụ, o nweghị mgbe M gbahapụrụ ya. Dị ka Onye Okike na Nna ya, amaara M mkpa ọ dị ịhụ ya n'anya. Ọ bụghị na M chọrọ ya, mana dị ka Nna na Onye Okike, ịhụnanya M mere Ka M hụ mkpa ọ dị ịhụ mmadụ n'anya. Lee, ebidebere M mmadụ, soro ya na-aga ebe ọ bụla, na-enyere ya aka n'ihe niile ma na-egboro ya mkpa ọ bụla.

Ana M ahụta mkpa ya, mbọ ya na ọchịchọ-obi ya niile ma inyere ya aka na ịzọpụta ya bụ ihe na-enyekarị M ọṅụ.

Mmadụ kwenyere na M bụ Chukwu na-eyi egwu, Onye ga-atụbanye mmadụ niile n'ọkụ ala mmụọ. Na ngwụcha oge, ọ ga-abụ ihe ịtụnanya ịhụ ọtụtụ mkpụrụ-obi e chere na ha furu

efu ebe ha sonyere na ndị a họtara na-egori n'aṅụrị ebeebe. Ọ bụ mmasị M ka ihe niile M kere eke ghọta na e nwere Nna, Onye na-elekọta ha anya ma bụrụ Onye chọrọ ka ha nwee aṅụrị n'elu ụwa, nke ha ga-eji mata ụtọ aṅụrị ebeebe.

Nne anaghị echefu obele nwa nke ọ mụrụ n'ime ụwa. Ọ bụ na ọ bụghị ihe ịtụnanya na M na-echeta ihe ekereke M niile?

Ya bụ na ọ bụrụ na nne na-echeta obele nwa M nyere ya, ahụrụ M ya n'anya karịa etu nne ya siri hụ ya n'anya, n'ihi na ọ bụ M kere ya. Ọ bụrụgodu na nne ahụchaghị nwa ya nwere ọlụsị n'anya, n'aka nke ọzọ, aga M ahụkarị ya n'anya. O nwere ike chefuo ma ọ bụ hapụ icheta ya tụmadị ma o toruo ilekọta onwe ya anya, mana enweghị m ike ichefu ya. Aga M na-ahụ ya n'anya oge niile, maọ bụrụgodu na o chefuo M bụ Nna na Onye Okike ya, aga M na-echeta ya ma hụ ya n'anya.

Agwala M gị na achọrọ M ka unu nwee ọṅụ ebeebe ma n'elu ụwa ebe a, mana ị ghọtabeghị ihe ọ pụtara. Ihe ọ pụtara bụ: ọ bụrụ na unu hụrụ M n'anya ma jiri aha Nna dị ụtọ na-akpọku M, unu ga-amalite ibi ndụ n'ịhụnanya na ntụkwasị-obi, nke ga-enye unu ọṅụ ebeebe iji soro ndị a họtara bụọ abụ n'eluigwe. Ọ bụ na nke a egosighị ọṅụ eluigwe nke ga-adị ebighiebi?

Ya bụ na achọrọ M ka mmadụ na-echeta oge niile na anọ M ebe ọ nọ, tinyere na ọ gaghị adị ndụ, ma ọ bụrụ na M anọnyeghịrị ya, na-ebi ndụ dị ka ya. Ana M anọdebe ya nso oge niile, n'agbanyeghị nnupu isi ya.

O o! Lee etu o siri bụrụ masị ihụ na e mejuputere atụmatụ nke M! Ruo ugbu a, mmadụ echebeghị n'echiche inye Chukwu, Nna ya, ọnụ nke M chọrọ ikwu maka ya: Aga M achọ ihụ oke ntụkwasị-obi dị n'etiti mmadụ na Nna ya bi n'Eluigwe, ezi mmụọ nke mmekorịta, nke agaghị ekworo maka oke ịdị-mma M na-eri mperi.

Amaara M mkpa unu niile, ọchịchọ-obi unu na ihe ọ bụla dị n'obi unu. Mana olee etu ọnụ M ga-adị, ma M hụ na unu abịakwute M ma hanye mkpa unu n'aka M, dị ka nwa nwere ntụkwasị-obi zuru oke n'ebe nna ya nọ. Olee etu M ga-esi hapụ inye unu ntakịrị ihe ma ọ bụ nnukwu ihe, ma unu rịọ M? Ọ bụrụgodu na unu anaghị ahụ M, ọ bụ na unu achọpụtaghị na M nọ unu nso n'ihe niile na-eme na ndụ unu nakwa n'akụkụ unu?

Kedu etu aga-esi kwụọ gị ụgwọ otu ụbọchị, dị ka i siri kwenye na M, n'agbanyeghị na ị hụbeghị M!

Ma ugbu a Mụ onwe M nọ n'etiti unu niile, na- agwa gị okwu, na-ekwughachi na M hụrụ unu n'anya, bụ ihe M kwugoro esepu aka n'ụdị ọ bụla wee chọọ ka a mata M, hụ M n'anya ma jiri ofufe pụrụ iche kwanyere M ugwu, ị naghị ahụ M, n'agbanyeghị na ị bụ naanị otu onye, onye nke M na-akpọpụtara ozi a! Ị bụ naanị otu onye n'etiti mmadụ niile! Ma ana M agwa gị okwu wee na-ahụta gị ma ị naghị ahụ M!

Achọrọ M ka mmadụ nwee ike ịmata M, ma kwenye na anọdebere M onye ọ bụla n'ime ha. O o, mmadụ cheta na ọ bụ mmasị M ịbụ olileanya ndị ụwa. Ọ bụ na abụghị M ya kamgbe? Mmadụ kaara ifu ma ọ bụrụ na Mụ abụghị olileanya

ya. Mana ọ dị mkpa iji nke a mata M, ka udo, ntụkwasị-obi na ịhụnanya nwee ike ịbata n'obi ndị mmadụ, ma mee ka ha na Nna ha nọ eluigwe na-emekọrịta ma n'elu ụwa!

Unu echena na M bụ agadi nwoke ahụ na-eyi egwu nke ndị mmadụ na-ezipụta n'ọtụtụ ihe eserese na n'ime akwụkwọ ha!

Mba, mba, nwa M atọghị M, nke M na-aka nka karịa nwa M na Chukwu Mmụọ-nsọ. N'ihi nke a, aga M achọ ka onye ọ bụla, site n'ụmụntakịrị ruo na ndị agadi, na-akpọ M Nna na Ényì. Maka na anọnyeere M unu oge niile, na-eme Onwe M dị ka unu, iji mee ka unu dị ka M. Olee etu ọṅụ M ga-adị mgbe nne na nna malitere ịkụziri ụmụaka ha ka ha jiri aha Nna, dị ka M siri bụrụ, na- akpọku M oge niile. Olee etu ọ ga-adị ịhụ na a kụnyere ntụkwasị-obi na ịhụ M n'anya n'ime obi ụmụntakịrị! Emeere M unu ihe niile; unu agaghị emere M nke a?

Aga M achọ iwu ụlọ M n'ime ezinụụlọ ọ bụla, dị ka o siri dị n'òbí M, ka mmadụ niile jiri ntụkwasị-obi kwupute: "Anyị nwere Nna, Onye dị mma ebeebe, nwee oke akụ na ụba ma dịkwa nnukwu ebere. Ọ na-eche maka anyị, ma nọdebe anyị nso. Ọ na-elekọta anyị anya, na-akwado anyị. Ọ ga-egboro anyị mkpa ọ bụla, ma anyị rịọ Ya. Akụ na ụba Ya niile bụ nke anyị, anyị ga-enweta ihe ọ bụla anyị chọrọ." Anọ M ebe ahụ kpọmkwem, iji mee ka unu rịọ M ihe unu chọrọ. "Rịọnụ, unu ga-arịọta." N'ịdị-mma M dị ka Nna, aga M enye unu ihe ọ bụla, ma unu nwere M dị ka ezi Nna, Onye bi n'etiti ndị ezinụụlọ Ya, dị ka M siri biri n'ezie.

Ọzọ kwa, achọrọ M ka ezinụụlọ ọ bụla konye n'ụlọ ha ihe eserese M ga-egosi "obele ada" M. Achọrọ M ka ezinụụlọ ọ bụla nwee ike isi etu a hanye onwe ya na nchekwa M pụrụ iche, ka ọ dịrị ha mfe ịkwanyere M ugwu. N'ebe ahụ, n'ụbọchị ọ bụla, ndị ezinụụlọ ga-akọro M mkpa, ọrụ, ahụhụ, ọchịchọ-obi, na aṅụrị ha, n'ihi na Nna ga-amarịrị ihe niile banyere ụmụ Ya.

N'ezie, amaara M nke a, n'ihi na anọ M ebe ahụ, mana ahụrụ M umeala n'anya. Amaara M etu M ga-esi butuo Onwe M n'ụdị ọnọdụ unu. Ana M eme Onwe M ntakịrị n'etiti ndị ụmụ ntakịrị. Ana M eme Onwe M okenye n'etiti ndị okenye ma na-emekwa etu ahụ n'ebe ndị kara nka nọ, ka mmadụ niile nwee ike ighọta ihe M chọrọ ịgwa ha banyere odido nsọ ha na ebube M.

Ọ bụ na ị hụghị ihe aka-ebe nke ihe M na-ekwu n'ime Nwa M, Onye mere Onwe Ya Onye nta enweghị ike dị ka unu? Ọ bụ na ị hụghị ya ugbu a, ebe M na-agwa gị okwu ebe a? Ọ bụ na M ahọpụtaghị ihe ekereke enweghị ike dị ka gị onwe gị, ka m gwa gị okwu ma mee ka ị ghọta ihe M chọrọ ịgwa gị? Ugbu a, ọ bụ na M anaghị eme Onwe M ka M dị ka gị?

Lee, e dotela M okpu-eze M n'ụkwụ M ma dote ụwa n'obi M. Ahapụla M ebube M n'eluigwe ma gbadata ebe a, na-abụ ihe ọ bụla n'ebe mmadụ niile nọ, na-abụ ogbenye n'etiti ndị ogbenye na ọgaranya n'etiti ndị ọgaranya. Achọrọ M ichekwa ndị na-eto eto, dị ka obele Nna. Ihe ọjọọ juputere n'ụwa! Ihe ọjọọ na-emetute ọtụtụ mkpụrụ-obi ndị amaghị ihe, ma jiri ha kwara ngwa ọrụ nwayọ nwayọ, ma laa ha n'iyi. Gị, onye chọrọ onye ga-elekọta ya anya na ndụ, ka o wee gbanahụ ihe ọjọọ,

bịakwute M! Abụ M Nna, Onye hụrụ gị n'anya karịa etu ihe ekereke ọ bụla ga-esi mee! Zerenụ ndọ n'ime M, hanyenụ echiche na mkpa unu n'ime M. Aga M ahụ unu n'anya n'ụzọ pụrụ iche. Aga M enye unu amara ugbu a, ma gozie ọdịniihu unu. Unu ga-eji n'aka na M agaghị echezo unu ma ọ gachagodu afọ iri na ise, afọ iri abụọ na ise ma ọ bụ afọ iri atọ, n'ihi na M kere unu. Bịanụ! Ahụrụ m na unu chọsiri ike Nna dị ụtọ, nke ịdị-mma Ya dị ebeebe dị ka M.

Ka M hapụgodu ihe ndị ọzọ dị mkpa M ga-ekwu n'ọdịniihu; ugbu a, achọrọ M ịgwa mkpụrụ-obi ndị ahụ M họpụtara nke gụnyere ndị ụkọchukwu na ndị niile chiri echichi ụka, tinyere unu, ụmụ nke ịhụnanya M. Enwere M ezi atụmatụ maka unu.

MAKA POOPU

Tupu M akpọtụrụ ndị ọzọ, elekwasị M gị anya, nwa M hụrụ n'anya, Nnukwu Ụkọchukwu M, dị ka onye M hanyere ọrụ a n'aka. O kwesiri ibu ụzọ n'atụmatụ ọrụ gị niile, ma bụrụ ihe a ga-emejupute naanị ugbu a, n'ihi na ekwensu akụnyela mkpụrụ egwu n'ime mmadụ.

O o! Lekene etu o siri bụrụ mmasị M ka ị mata ógó ọrụ a, íbòbò ya, uhie ya, ime ya na ogologo ya. Achọrọ M ka ị mata ọchịchọ-obi M banyere mmadụ, ma ugbu a ma n'ọdịniihu!

Ọ bụrụ na ị maara naanị etu o siri bụrụ mmasị M ka mmadụ mata M, hụ M n'anya ma kwanyere M ugwu! Enwere M mmasị nke a ụwatụwa niile site na mgbe M kere nwoke mbụ. Agwala M mmadụ mmasị M nke a n'oge dị iche iche, tụmadị n'oge Agba-Ochie. Mana mmadụ aghọtabeghị ya. Ugbu a, ọ bụrụ na ihe niile M kere eke na mba ụwa niile ga-eme ka ọchịchọ-obi M bịa na mmezu, aga M echefu ihe ndị gara aga.

Ana M ebuda onwe M ala n'ebe ihe M kere eke dakarịsịrị ogbenye nọ, iji gwa ya okwu, ma si n'ime ya gwaa mmadụ niile okwu, n'agbanyeghị na ọ chọpụtabeghị ọmarịcha ọrụ nke M chọrọ ịrụ n'etiti ha.

Agaghị M agwa ya okwu banyere okwukwe, n'ihi na eji M n'aka na ọ gaghị amịta ezi mkpụrụ, maka na ọ gaghị aghọta

M. Ana M eme nke a, iji mee ka e jiri umeala n'enweghị ntụpọ ghọta atụmatụ M. Mana ugbu a, i nwere ohere inyocha ọrụ a ma jiri ọsọ mejupute ya.

Ka a mata M, hụ M n'anya ma jiri ofufe pụrụ iche kwanyere M ugwu, anaghị M achọ ihe ọ bụla gbara gharịị. Achọrọ M naanị nke a:

1. Achọrọ M ka e doo asọ otu ụbọchị, ma ọ bụ opekata mpe, otu ụbọchị Ụka, dị ka ụbọchị iji kwanyere M ugwu n'ụzọ pụrụ iche, nke isiokwu ya ga-abụ: NNA NKE MMADỤ NIILE.

Achọrọ M ka e jiri Misa dị asọ na Ọrụ pụrụ iche merube mmemme a. Ọ taghị akpụ ịhụ okwu kwadoro nke a n'Akwụkwọ-Nsọ.

Ọ bụrụ na unu chọrọ iji ụbọchị Ụka fee M ofufe pụrụ iche, ahọrọ M ụbọchị Ụka nke mbụ n'ọnwa Ọgọstị. Ọ bụrụ na unu chọrọ iji ụbọchị ọrụ, achọrọ m ka ọ bụrụ n'ụbọchị nke asaa nke otu ọnwa ahụ.

2. Achọrọ M ka ndị ụkọchukwu niile kwado ofufe nke a, ọkachasị ime ka ndị mmadụ mata M etu sịrị dị na etu M ga-adịgide n'ebe ha nọ, ya bụ Nna kachasị nna niile dị nwayọ na ịhụnanya.

3. Achọrọ M ka ha webata M n'ezinụụlọ ha, ụlọ-ahụike ha, ụlọ-ọrụ ha, ụlọ-ọzụzụ ndị soja, n'ọgbakọ nke ndị ọchịchị mba ụwa - na mkpirisi, ebe ọ bụla ihe ekereke M nọ, ọ bụladị otu onye n'ime ha!

Achọrọ M ka ihe eserese M bụrụ akara a na-ahụ anya, iji zipụta na M nọ n'etiti unu. Ya bụ na Nna ga na-elezu ụmụ ya niile anya, ma ha na-arụ ọrụ ha dị iche iche. N'ụzọ dị etu a, ụmụ M ga-anọ na nlekọta nke Nna.

Ma bụladị ugbu a o doro anya na M nọ ebe niile, achọrọ M ka ihe dị ọkpụrụkpụ wee zipụta M!

4. Achọrọ M ka n'afọ ọ bụla, ndị echichi Ụka na ndị na-eso ụzọ M zipụta omume ekpemchi dị iche iche, iji kwanyere M ugwu n'emegideghị ọrụ ha.

Ka ndị ụkọchukwu gaa n'ebe ọ bụla n'atụghị ụjọ, n'etiti mba ụwa niile, iji fụkee ọkụ nke ịhụnanya M dị ka Nna n'etiti mmadụ. N'oge ahụ a ga-akụta ọtụtụ mkpụrụ-obi, n'ebe ọtụtụ ga-enweta mmụta, ọ bụghị naanị n'etiti ndị amaghị Chukwu, kama n'ebe ndị okwukwe ha abụghị nke ezi Ụka ahụ.
Ée, achọrọ M ka mmadụ ndị a, ndị bụkwaazị ụmụ M, nọ n'obodo niile hụta ọkụ a na-egbuke n'ihu ha, ka ha mata eziokwu ahụ, nabata ya, ma tinye ezi omume niile nke ndị otu Kristi n'ọrụ.

5. Achọrọ M ka a kwanyere M ugwu pụrụ iche n'ebe a na-azụ ndị ụkọchukwu, ndị sista, n'ụlọ akwụkwọ, tinyere ụlọ ebe a na-azụ ndị okenye. Ka onye ọ bụla, malite n'ụmụaka ruo na ndị okenye, mata, ma hụ M n'anya dị ka Nna, Onye Okike na Onye Nzọpụta ha.

6. Ka ndị ụkọchukwu malite ichọpụta ihe M kwuru n'oge ochie n'Akwụkwọ-Nsọ, tinyere ihe ndị mmadụ amabeghị ruo taata, banyere ụdị ofufe nke M chọrọ ịnata n'aka mmadụ. Ka ha rụọ ọrụ iji mee ka mmadụ niile mata mmasị M na uche M, site n'ikwupute ihe M chọrọ ịgwa mmadụ niile, ndị ụkọchukwu, ndị mọnkụ na ọkachasị ndị sista. Mkpụrụ-obi ndị ahụ bụ ndị M họtara karịa mkpụrụ-obi ndị ọzọ nọ n'elu ụwa, ka ha kwanyere M nnukwu ugwu.

N'ezie, ọ ga-ete aka tupu e mejupute ọchịchọ-obi M n'uju n'ebe mmadụ nọ, bụ nke M kpugheere gị! Mana otu ụbọchị, site n'ekpere na aja dị iche iche nke mkpụrụ-obi na-emepuru ndị ọzọ na-achụ maka ọrụ nke ịhụnanya M, ekwere M na otu ụbọchị, aga M enwe afọ ojuju.

Aga M agọzi gị, nwa M hụrụ n'anya, ma kwụọ gị ụgwọ ọrụ mmaji-kwụrụ-mmaji maka ihe niile ị ga-eme n'ihi ebube M.

HOLY PICTURE

" ... achọrọ M ka ha webata M n'ezinụụlọ ha, ụlọ-ahụike ha, ụlọ-ọrụ ha, ụlọ-ọzụzụ ndị soja, n'ọgbakọ nke ndị ọchịchị mba ụwa - na mkpirisi, ebe ọ bụla ihe ekereke M nọ, ọ bụladị otu onye n'ime ha!

... achọrọ M ka ihe eserese M bụrụ akara a na-ahụ anya, iji zipụta na M nọ n'etiti unu. Ya bụ na Nna ga na-elezu ụmụ ya niile anya, ma ha na-arụ ọrụ ha dị iche iche. N'ụzọ dị etu a, ụmụ M ga-anọ na nlekọta nke Nna.

... achọrọ M ka ezinụụlọ ọ bụla nwee ike isi etu a tinye onwe ya na nchekwa M pụrụ iche, ka o wee dịrị ha mfe ịkwanyere M ugwu. Ezinụụlọ ahụ ga-anọ n'ebe ahụ n'ụbọchị ọ bụla na-akọsara M mkpa, ọrụ, ùrú, ahụhụ, ọchịchọ-obi na ọnụ ha niile, maka na iwu bụ na Nna ga-amata ihe ọ bụla banyere ụmụ Ya"

Ka anyị nabata ime "uche" Nna Anyị nọ n'Eluigwe: ka anyị dote otu n'ihe esesrese Ya n'ime ụlọ anyị ma ọ bụ ụlọ-ọrụ anyị, ma na-ezukọba n'ụbọchị ọ bụla wee kpee Rosarị nke Nna, ma ọ bụ o pekata mpe, ụfọdụ ekpere e deputere n'ihu akwụkwọ ndị ikpeazụ n'ime akwụkwọ "Chukwu Nna Gwara Ụmụ Ya Okwu"

Maka ịnata nkọwa banyere ihe eserese nke Nna, biko kpọtụrụ:

Armata Bianca - POB 135 L'Aquila - 67100 Italy
mail: avemaria@armatabianca.org ma ọ bụ www.armatabianca.org
mail: thefatherspeaks.africa@yahoo.com

HOLY PICTURE

" ... achọrọ M ka ha webata M n'ezinụụlọ ha, ụlọ-ahụike ha, ụlọ-ọrụ ha, ụlọ-ọzụzụ ndị soja, n'ọgbakọ nke ndị ọchịchị mba ụwa - na mkpirisi, ebe ọ bụla ihe ekereke M nọ, ọ bụladị otu onye n'ime ha!

... achọrọ M ka ihe eserese M bụrụ akara a na-ahụ anya, iji zipụta na M nọ n'etiti unu. Ya bụ na Nna ga na-elezu ụmụ ya niile anya, ma ha na-arụ ọrụ ha dị iche iche. N'ụzọ dị etu a, ụmụ M ga-anọ na nlekọta nke Nna.

... achọrọ M ka ezinụụlọ ọ bụla nwee ike isi etu a tinye onwe ya na nchekwa M pụrụ iche, ka o wee dịrị ha mfe ịkwanyere M ugwu. Ezinụụlọ ahụ ga-anọ n'ebe ahụ n'ụbọchị ọ bụla na-akọsara M mkpa, ọrụ, ùrú, ahụhụ, ọchịchọ-obi na ọnụ ha niile, maka na iwu bụ na Nna ga-amata ihe ọ bụla banyere ụmụ Ya"

Ka anyị nabata ime "uche" Nna Anyị nọ n'Eluigwe: ka anyị dote otu n'ihe esesrese Ya n'ime ụlọ anyị ma ọ bụ ụlọ-ọrụ anyị, ma na-ezukọba n'ụbọchị ọ bụla wee kpee Rosarị nke Nna, ma ọ bụ o pekata mpe, ụfọdụ ekpere e deputere n'ihu akwụkwọ ndị ikpeazụ n'ime akwụkwọ "Chukwu Nna Gwara Ụmụ Ya Okwu"

Maka ịnata nkọwa banyere ihe eserese nke Nna, biko kpọtụrụ:

Armata Bianca - POB 135 L'Aquila - 67100 Italy
mail: avemaria@armatabianca.org ma ọ bụ www.armatabianca.org
mail: thefatherspeaks.africa@yahoo.com

MAKA BISHỌP

Nwa M, Alexander, achọrọ M ịgwa gị otu okwu, ka e nwee ike imejupute ọchịchọ-obi M n'ime ụwa.

Ị ga-esonye n'ịkwado ọrụ nke a, nke bụ ofufe pụrụ iche M chọrọ n'aka mmadụ. N'aka unu, ụmụ M ndị nwoke ka m chọrọ ịhanye ọrụ a na ọganiihu ya, nke bụ ihe dị oke mkpa.

Jirinụ okwu na ndọga mee ka a mata okwu M, ka ihe ekereke M nwee ike ịmata M, hụ M n'anya, ma kwanyere M ugwu. Ọ bụrụ na unu mee nke a, ọ pụtara na unu emeela ihe M tụrụ anya n'aka unu, nke bụ uche M, tinyere na ọ ga-abụ na unu emejuputela ọtụtụ ihe mmasị M.

N'ihe ọ bụla unu mere n'ihi ebube M, aga M eji nzọpụta na odido-nsọ kwụghachi unu ụgwọ ya ugboro abụọ. N'ikpeazụ, n'alaeze, ma naanị n'alaeze, ka unu ga-anata ụgwọ-ọrụ nke M ga-enye unu n'ụzọ pụrụ iche, tinyere ndị ọzọ soro rụọ ọrụ ruo n'isi njedebe.

Ekere M mmadụ maka Mụ Onwe M, ma ọ bụ ihe kwesiri ekwesi na M bụrụ IHE NIILE maka mmadụ. Mmadụ agaghị enwe ezi ọnụ, belụsọ n'ime Nna na Onye Okike ya, n'ihi na e mere mkpụrụ-obi ya maka naanị M.

N'akụkụ nke M, ahụrụ m ihe ekereke M n'anya nke ukwu, nke na anaM enwekarị oke ọṅụ n'ịnọ n'etiti ha.

Ebube M n'eluigwe dị oke ukwu, mana ebube M na-akarị mgbe M nọ n'etiti ụmụ M, nke bụ mmadụ niile dị n'ụwa. Eluigwe nke unu bụ ihe ekereke M, tinyere ndị M họtara, dị n'alaeze, n'ihi na ọ bụ n'ebe ahụ ka unu ga-ahụta M ebeebe, ma ṅụrịa n'ebube enweghị njedebe. Alaeze M dị n'ụwa n'ime unu niile, O mmadụ! Éē, ọ dị n'elu ụwa, ma n'ime mkpụrụ-obi unu ka M na-achọ aṅụrị na ọṅụ M.

Unu ga-enye M ọṅụ nke a, ma ọ bụkwa ọrụ unu nye Nna, Onye Okike unu, Onye chọrọ ma na-atụ anya nke a n'aka unu.

Ọṅụ M nwere n'ịnọnyere unu adịghị nta karịa ọṅụ M mgbe M nọnyeere Nwa M, Jesu n'oge ndụ ya dị ka mmadụ nkịtị. Ọ bụ M dunyere Nwa M. A tụrụ ime Ya site na Mmụọ-nsọ, nke bụ Mụ Onwe M; n'otu okwu: abụrịrị M ihe M bụ.

N'ihi na M hụrụ unu n'anya dị ka M siri hụ Nwa M, nke bụ Mụ Onwe M, agwa M unu, ihe ekereke M, dị ka M siri gwa Ya: Unu bụ ụmụ M hụrụ n'anya, nke ihe unu na-amasị M. N'ihi nke a, ana M enwe ọṅụ ịnọ n'etiti unu, ma nwee mmasị ịnọnyere unu. Ịnọnyere unu dị ka anyanwụ nọ n'etiti ụwa.

Ọ bụrụ na unu adị njikere ịnabata M, aga M anọdebe unu nso, banye n'ime unu, mụnye ọkụ M n'ime unu, ma jiri ịhụnanya M dị ọkpụ mee ka unu na-anụ ọkụ.

Maka unu, mkpụrụ-obi ndị na-erugharị n'ime njọ, ma ọ bụ ndị amaghị eziokwu nke okwukwe, enweghị M ike ịbanye n'ime unu; ka o si na dị, aga M anọdebe unu n'ihi na agaghị M akwụsị ịkpọku unu ka unu nara ọtụtụ uru M na-ewetara unu, ka unu nwee ike ịhụ ihe, ma nata ọgwụgwọ-nsọ n'ime mmehie.

Mgbe ụfọdụ, M lee unu anya, ana M enwe obi ebere n'ajọ ọnọdụ unu. Mgbe ụfọdụ, eji M ịhụnanya na-ele unu, iji mee ka ike nke amara M jide unu. Ana M anọdebe ụfọdụ mkpụrụ-obi nso ọtụtụ ụbọchị, mgbe ụfọdụ, ọtụtụ afọ, iji mee ka ha nwee ike ịnata aṅụrị ebeebe. Ha anaghị ama na M nọ ebe ahụ na-eche ha, na-akpọku ha oge niile kwa ụbọchị. Ka o si na dị, ike anaghị agwụ M, ma ákà M na-enwe aṅụrị ịnọdebe unu, na-atụ anya oge niile na unu ga-alọghachite n'ebe Nna unu nọ n'otu ụbọchị, tinyere na unu ga-egosi M, ọbụladị omume ịhụnanya tupu unu anwụọ. Aga M eji otu mkpụrụ-obi nke ọnwụ ike na-echere aka mgba maara gị atụ; mkpụrụ-obi ahụ na-akpaburị agwa dị ka Nwa Lara Akụ Nna Ya n'Iyi. (Ahụrụ m ihe ịma atụ dị ka ihe mere eme, etu Nna siri kpọpụta ya ka m siri dee ya - nke a si n'aka Ezinne Eugenia)

Ekponyere M mkpụrụ-obi nke a ọtụtụ uru, mana ọ lara ha dum n'iyi, ihe onyinye niile nke Nna ya hụrụ ya n'anya nyere ya. Nke kacha njọ bụ na o mejọrọ M nke ukwu. Ana M eche ya, soro ya na-aga n'ebe niile. Enyere M amara karịchaa: ahụ-ike na akụnụụba, nke M mere ka ọ bụrụ uru si n'aka-ọrụ ya, ma mee ka ọ dị yafụyafụ. N'oge ụfọdụ, ọ na-eweta ọtụtụ ihe onyinye site n'amara Onyinye M. Ya bụ na o nwere n'uju ihe ọ bụla, mana ọ hụrụ ya dị ka ihe ajọ omume ya butere, maka na ọ na-ebi ndụ n'ime njọ ogbugbu. Mana ike anaghị agwụ ịhụnanya M. N'agbanyeghị nke a ana M eso ya. Ahụrụ M ya n'anya n'agbanyeghị nnupu isi ya, enwere M ọnụ iji ndidi binyere ya, ma nwee olileanya na ikekwa ọ ga-anabata ịhụnanya M, ma bịakwute M, Nna ya na Onye Nzọpụta ya.

N'ikpeazụ, ụbọchị ikpeazụ ya na-abịa nso. E zigaara M ya otu ọrịa, iji mee ka ọ lọghachi azụ n'uche ya, ma bịakwute M, Nna ya. Oge na-aga ma Nwa M esighị ike - nke gbara afọ iri asaa na anọ - nọ n'agbata ọnwụ na ndụ. Aka M nọdebere ya, etu m si anọ, ma jiri obi dere ede na-agwa ya okwu.
Ahapụghị M. Akpọrọ m ndị M họtara ma, rịọ ha ka ha kpeere ya ekpere, iji mee ka ọ rịọ mgbaghara nke M na-enye ya. Ma ugbu a, tupu o kubie, o meghere anya ya, nabata mmehie ya, ma ghọta etu o siri gbahapụ ụzọ nke eziokwu, nke na-edubanye n'ime M. Uche ya lọghachiri, o wee jiri olu enweghị ike, nke o nweghị onye ọzọ nọdebere ya nụrụ, kwuo sị, "Chukwu m, ugbu a, ahụla m etu ịhụnanya Gị siri dị ukwu n'ebe m nọ ma ejiri m ajọ ndụ mehie Gị ugboro ugboro.

Echetụbeghị m echiche banyere Gị bụ Nna na Onye Nzọpụta m. Ugbu a, ị hụla ihe niile, ma ana m arịọ mgbaghara maka ihe ọjọọ niile ị hụrụ n'ime m, bụ ihe m chọpụtara ugbu a m nọ na nsogbu. Ahụrụ m Gị n'anya Nna m na Onye Nzọpụta M!"

Ọ nwụrụ n'oge ahụ, ma ugbu a, lee ya ka ọ nọ n'ihu M. Eji M ịhụnanya Nna kpee ya ikpe: ọ kpọrọ M Nna, ma weta nzọpụta. Ọ ga-anọ obele oge n'ebe a ga-anwụcha ya, mana o mechaa nke a, ọ ga-enwe aṅụrị ebeebe. N'ebe o kporiri ndụ mgbe ọ dị ndụ, ma nwee olileanya nzọpụta mgbe ọ ga-echegharị, ugbu a Mụ na ụlọ-ikpe nke igwe M na-enwe ọṅụ karịa, etu e siri mejupute mmasị m ịbụ Nna ya ebeebe.

Maka mkpụrụ-obi ndị na-ebi ndụ n'ezi omume na amara dị ngọzị, ezipụtara M ọṅụ M site n'ibinyere ha, Enyere M ha Onwe M. Etinyere M n'ime ha ikike itinye ike M n'ọrụ, ma site n'ịhụnanya M, ha achọtala ọnọdụ nke igwe n'ime M, Nna ha na Onye Nzọpụta ha!

N'ebe a bụ njedebe Ozi a, agba nke mbụ.

OZI NKE NNA - NKEBI NKE ABỤỌ

Àgbá nke abụọ n'ụbọchị iri na abụọ nke ọnwa Ọgọstị n'afọ 1932.

Otu ụbọchị, ekwensu nweere ya ma jiri mkpa-isi berichaa ụgbọ-azụ akwụkwọ ahụ.

"Emegheela M ugbu a mmiri-ndụ, nke agaghị ata ata malita ugbu a ruo ọgwụgwụ oge. Ihe ekereke M, ana M abịakwute unu, iji kpugheere unu Ara nke Nna juputere n'ịhụnanya M maka unu bụ ụmụ M. Achọrọ M ka unu bụrụ ndị aka-ebe nke ịhụnanya M dị ọkpụ na ebere. O zughị oke igosi unu naanị ịhụnanya M; achọkwara M ikpughere unu Obi M, ebe mmiri-ndụ ga-esi gbapụta, ma gwọọ mmadụ niile ọrịa nke akpịrị ịkpọ nkụ. N'oge ahụ, ha ga-enwe ọnụ, nke ha enwetụbeghị ruo ugbu a, site n'oke ụjọ nke ha na-atụ Mụ bụ Nna dị obi ebere.

Kamgbe M kwere mmadụ nkwa Onye Nzọpụta, emere M ka mmiri-ndụ a na-agbapụta. ("Enwere m ike ịhụta mmiri-ndụ a n'ụbọchị ọ bụla kamgbe Ọ malitere ikwu okwu banyere ya." - Okwu a si n'aka Nne Eugenia). Emere M ka o si n'Obi Nwa M wee ruo unu. Mana oke ịhụnanya M n'ebe unu nọ mere ka M na-emepuru unu karịa, site n'ikpughe Obi M, ebe mmiri nke nzọpụta ahụ si agbapụtara ụmụ M, tinyere na enyere M ha ikike ikuru ya n'efu oge niile ruo mgbe ebighiebi.

Ọ bụrụ na unu chọrọ ịmata ike dị n'ime mmiri- ndụ nke M na-ekwu maka ya, unu ga-ebu ụzọ mata M nke ọma, ma hụ M n'anya etu M siri chọọ, ya bụ, ọ bụghị naanị ịmata M dị ka Nna, kama dị ka Enyi na Onye Ntụkwasị-obi unu.

Kedu etu ihe m na-ekwu ji atụ gị n'anya? Ọ bụ na M ekeghị unu n'oyiyi M? Emere M nke a ka ọ hapụ igba unu gharịị mgbe unu na Nna, Onye Okike na Chukwu unu malitere ịkparịta ụka dị ka ényì. Nke a bụ n'ihi na unu abụrụla ụmụ nke ịhụnanya Nna na Abụm-Chukwu M site n'ebere nke amara M. Nwa M, Jesu nọ n'ime M, ma anọ M n'ime Ya site n'ịhụnanya Anyị na-emekọrịta na Mmụọ-nsọ, Onye jikọtara Anyị n'ime ịhụnanya nke a, iji mee ka anyị bụrụ Otu.

Nwa M bụ obene mmiri-ndụ ahụ, nke mmadụ nwere ike isi n'Obi Ya juputere na mmiri nke nzọputa kuru mmiri! Ma unu ga-eji n'aka na mmiri nke a Nwa M na-ekpughere unu dị, iji kpebiere onwe unu na ọ dị mma ma na-enye afọ-ojuju! Ya bụ, bịakwutenụ M site na Nwa M, ma ngwangwa unu nọdebere M, hanyenụ ọchịchọ-obi unu n'aka M. Aga m egosi unu mmiri-ndụ a, site n'ime ka unu mata Mụ Onwe M, etu M dị kpọmkwem. Mgbe unu maara M, akpịrị agaghị akpọkwa unu nkụ, a ga-anwụcha unu, gwọọ unu ọrịa niile, unu atụdebe ụjọ. Unu ga-enwe oke ọṅụ, ma ịhụnanya unu ga-agbanye mgbọrọgwụ karịa etu ọ dị na mbụ.

Mana ị ga-ajụ M ajụjụ sị, 'Kedu etu anyị ga-esi bịakwute Gị?'

O o, soronụ ụzọ nke okwukwe bịa, kpọọnụ M Nna unu, hụ M n'anya n'ime mmụọ na eziokwu, ma nke a ezuola iji mee ka oke mmiri a kwụsị akpịrị ịkpọ nkụ unu.

Mana ọ bụrụ na unu chọrọ ka mmiri a nye unu ihe ọ bụla unu chọrọ, unu ga-amata ma hụ M n'anya. Ọ bụrụ na ume na-ada unu mba, jirinụ aha Nna dị ụtọ kpọkuo M, ma aga M abịakwute unu. Mmiri-ndụ m ga-enye unu ịhụnanya, obi-ike na ihe ọ bụla unu chọrọ iji mee ka Nna, Onye Okike unu hụ unu n'anya ebighiebi.

Ọ bụ mmasị M ka unu niile mata M, iji mee ka unu niile nwee ọñụ n'elu ụwa. Meenụ onwe unu ndị Ozioma n'ebe ndị amaghị M nọ, ma aga M agọzi mbọ unu, site n'ime ka unu sonyere M n'oke ebube dị ebeebe!

Ụmụ M, abụ M oke osimiri na-eme mma, ma nke a bụ ihe ịrịbaama ọzọ zipụtara ịhụnanya Nna nke M nwere n'ebe unu nọ, n'agbanyeghị afọ ole ị dị, ọkwa gị ma ọ bụ obodo gị. Agụpụghịkwa M otu na okwukwe dị iche iche, ndị kwere ekwe na ndị ekweghị ma ọ bụ ndị achọghị ịma. Ihụnanya M metutere ihe ekereke ọ bụla maara ihe nke mejuputere mmadụ.

Lee ihe aka-ebe nke a n'ebe a: Abụ M osimiri na-eme mma. Egosila M gị mmiri-ndụ nke si n'Obi M agbapụta, iji kwụsị

akpịrị ịkpọ nkụ unu. Ma ugbu a, iji mee ka ị hụta ịdị-mma M n'ebe mmadụ niile nọ, aga M egosi gị osimiri nke imepuru ụwa niile, nke ị ga-adakpunye n'ime ya, dị ka onye ìsì. Maka gịnị? N'ihi na site n'ịdanye n'ime osimiri a, a ga-atọhapụ mkpụrụ-obi niile n'ilu nke mmehie, site na nwucha nke ịhụnanya nke a. Ha ga-adị ọcha mgbe ha pụtara n'ime osimiri, ma nwee aṅụrị ịmụta ime ọgọ.

Ọ bụrụ na gị onwe gị adanyekwa ọzọ n'ọnọdụ ọjọọ n'amaghị ama ma ọ bụ n'adịghị ike, aga m abụrịrị osimiri na-eme mma, ma dị njikere ịnabata ajọ ọnọdụ a, gbanwee ya, ma doo gị asọ, dị ka M bụ Nna gị siri dị.

Ụmụ M, unu chọrọ iji udo na ọṅụ bie ndụ n'elu ụwa? Bịanụ tinye onwe unu n'ime osimiri sara mbara ma nọgide n'ime ya ebighiebi. Dị ka unu si arụ ọrụ, ma na-adị ndụ, a ga-eji ime ọgọ doo ndụ a asọ.

Maka ụmụ M, ndị esoghị ụzọ eziokwu, achọsiri M ike imikpunye ha n'ime ịhụnanya Nna, iji mee ka anya ha meghee wee hụta ìhé nke na-achawapụta ugbu a karịa etu ọ dị na mbụ.

Ugbu a bụ oge amara ahụ a na-atụ anya ya kamgbe mmalite oge! Mụ Onwe M nọ ebe a, iji gwa gị okwu. Abịara M dị ka Nna kachasị ndị ọzọ n'ịhụnanya na umeala. Ebuturu M Onwe M ala, ma chefuo Onwe M, iji bubata gị n'ebe M nọ ma mee ka i wee nzọpụta.

Unu niile bụ ndị dị ndụ ugbu a, ma gị onwe gị, bụ ihe éfù, mana unu ga-ebi narị afọ kwụrụ afọ ruo na njedebe nke ụwa, ma chetakwanụ na ọ bụghị naanị unu nọ: Nna na-echere unu, ma na-enye unu òkè n'ime ịhụnanya Ya enweghị njedebe.

Nọdebenụ n'akụkụ mmiri-ndụ, nke ga-agbapụta ebighiebi site n'Ara nke M bụ Nna. Chọpụtanụ ụtọ dị n'ime mmiri nke a na-enye ahụ-ike, ma mgbe íké ya dị ụtọ metutere mkpụrụ-obi unu wee gbooro unu ọtụtụ mkpa, bịanụ mikpunye onwe unu n'ime osimiri nke ọgọ M, ka unu biri naanị n'ime M, nwụọ ọnwụ n'ime unu, ma biri n'ime M ebeebe. (Dị ka Nne Eugenia siri dee: "Nna anyị gwara m na mkparịta-ụka dị omimi: 'Mmiri ahụ bụ ákàrá nke ọmụma M; osimiri abụrụ ákàrá nke ọgọ M na nchekwube nke unu. Mgbe unu chọrọ ịṅụ mmiri-ndụ a, gụọnụ M dị ka akwụkwọ iji mata M, ma mgbe unu mataara M, danyenụ n'ime osimiri nke ọgọ M, ma jiri nnukwu okwukwe pụrụ ịgbanwe mmadụ tụkwasị M obi: enweghị M ike ịhapụ gị na nke a. Aga M agbaghara gị mmehie niile ma jiri amara kpọnyere gị aka.")

Anọ M n'etiti unu. Aṅụrị bụ nke ndị kwere n'eziokwu a, ma tinye ohere nke oge a n'ọrụ dị ka Akwụkwọ-Nsọ siri kwuo sị:

"Oge na-abịa mgbe mmadụ ga-akwanyere Chukwu ugwu, ma hụ Ya n'anya, dị ka O siri chọọ."

Akwụkwọ-Nsọ gakwara n'ihu jụọ sị:

"Maka gịnị?", ma ọsịsa ya bụ: "N'ihi na naanị Ya kwesiri inye ugwu, ịhụ n'anya na inye otito ruo mgbe ebighebi!"

Enyere M Moses iwu a dị ka otu n'ime iwu iri, ka o kwusaara ndị mmadụ:

"Hụ Chukwu n'anya, ma fee Ya ofufe!"
Ndị bụburị ndị Otu Kristi nwere ike ikwu: "Anyị hụrụ Gị n'anya malite mgbe a mụrụ anyị, ma ọ bụ kamgbe nchegharị anyị, etu anyị si ekwu oge niile n'Ekpere Nna Anyị: "Nna Anyị nọ n'Eluigwe!"

Ụmụ M, ekwere M na unu hụrụ M n'anya ma na-akwanyere M ugwu n'oge unu na-ekwupute nkebi nke mbụ n'Ekpere Nna Anyị, ma a gaa n'ihu, unu ga-ahụ:

"Ka otito dịrị Aha Gị!" Ana-enye Aha M ngọzị?

N'ịga n'ihu: "Ka ọchịchị Gị bịa!" Ọchịchị M abịala?

Ọ bụ ezie na unu na-akwanyere Ike Ọchịchị nke Jesu Nwa M oke ugwu, ma n'ime Ya, unu na-akwanyere M ugwu! Mana unu aga-ahapụ inye Nna unu óké otito nke ịkpọ Ya "Eze," ma ọ bụ ịnabata ọchịchị M ganye na mmadụ niile amata M ma hụ M n'anya?

Achọrọ M ka unu na-eme emume Ike Ọchịchị nke Nwa M, iji kwụghachi Ya ụgwọ mkparị niile Ọ natara n'ihu Pilate na ndị agha, ndị metọrọ ahụ Ya dị asọ, nke enweghị ntụpọ. Ana M arịọ ka unu hapụ ịkwụsị emume a, kama ka unu jiri íké na ọnụ na-eme ya, iji mee ka onye ọ bụla mata Eze a n'ezie, ma marakwa Alaeze Ya n'otu aka ahụ. Ugbu a, iji mata ihe abụọ ndị a nke ọma, ọ dịkwazị ịmata Nna Onye Eze a, Onye kere Alaeze a.

N'ezie, ụmụ M, Ụka nke M hanyere Nwa M n'aka ka O wulite ga-arụpụ ọrụ a, site n'ịkwanyere Ya, Onye bụ Onye Isi Mbido: Nna na Onye Okike unu ugwu.

Ụmụ M, ụfọdụ n'ime unu nwere ike zaghachi: Ụka nà-ètó oge niile. Ndị Otu Kristi na-abawanye: akara nke a ezuola iji chọpụta na Ụka ezuola oke!" Ụmụ M, matakwanụ na Nna unu, tinyere Nwa M na Mmụọ-nsọ na-elekọta Ụka anya n'oge niile malite mgbe a mụrụ ya; n'ihi ya, achọrọ ka Ụka hapụ inwe ntụpọ, malite na nnukwu Ụkọchukwu M, onye bụ Nna dị Asọ. Ka o si na dị, ọ pụtara na ọ bụghị eziokwu na ọ bụrụ na ndị Otu Kristi mara M dị ka Nna dị nwanyọ, ebere, mma ma na-anabata onye ọ bụla, ha ejiri ike na eziokwu kwenye n'okwukwe dị nsọ?

Ụmụ M, ọ bụghị eziokwu na unu mata na unu nwere Nna, Onye na-echere unu ma hụ unu n'anya ebeebe, unu amalite ịgba mbọ kwụdosie ike n'ọrụ unu dị ka ndị Otu Kristi, tinyere

ịgba mbọ n'ọrụ unu dị ka ndị amaala, site n'ịkwụwa aka ọtọ n'ebe Chukwu na mmadụ nọ?

Ọ bụ na unu mata Nna nke a, Onye hụrụ unu niile n'anya n'akpaghị oke, Onye na-akpọ unu niile ụmụ Ya n'akpaghị oke, unu agaghị ahụ M n'anya ma jiri mkpalite M metute mmadụ niile, ndị amaghị ndị Otu Kristi, nke ha ji ama Nna, Onye kere ha?

Ọ bụrụ na o nwere onye gara gwaa mkpụrụ-obi ndị a okwu, bụ ndị a gbahapụrụ n'ime nkwenye ezighị ezi, ma ọ bụ kpọtụrụ ọtụtụ ndị ọzọ na-akpọ M Chukwu n'ihi na ha maara na M dị ma na ha amaghị na M nọdebere ha; ọ bụrụ na mmadụ gwara ha na na Onye kere ha bụ Nna ha, na o ji ịhụnanya gbaa ha ogige n'ime iru uju na mkpagbu ha niile, nke a ga-ebute nchegharị n'ime ọ bụladị ndị na-akpọ ekwo nkụ, ma nchegharị ndị a ga-akwụdosi ike ma nọtee aka.

Ụfọdụ n'ime unu na-atụle ọrụ nke ịhụnanya nke M na-arụ n'etiti mmadụ nwere ike ịmalite okwu nkwutọ sị: "Mana ọ bụ na ndị si mba dị iche iche weta Ozioma agwaghị ndị ekweghị ekwe maka Chukwu, ịdị-mma Ya na ebere Ya? Kedu ihe ọzọ a ga-ekwu banyere Chukwu, n'ebe ha na-ekwu banyere Ya n'oge niile?" Ndị butere Ozioma ekwuola ma ka na-ekwu maka Chukwu etu ha siri mara Ya, mana ana M edo unu anya na unu amaghị M etu M siri dị, n'ihi na ana M abịa

ikwupute Onwe M dị ka Nna mmadụ niile, nke kacha nna ndị ọzọ umeala, iji gbanwue ịhụnanya unu riri mperi n'ihi égwù.

Abịara M ime ka M yie ihe ekereke M, ịgbanwe echiche unu banyere M dị ka Chukwu, Onye Ikpe-nkwụmọọtọ na-eyi egwu, maka na ahụrụ etu mmadụ si ebi ndụ ya niile n'enweghị ntụkwasị-obi na naanị Nna ha, Onye naanị ọchịchọ-obi Ya bụ ime ka ndụ mmadụ dị mfe n'elu ụwa ma nyekwa ya ndụ ebeebe n'eluigwe.

Nke a bụ ihe aka-ebe iji mata na ọtụtụ mkpụrụ-obi amaghị karịa etu i siri mata M, n'ihi na ha akagbubeghị echiche i nwere banyere M. Mana ugbu a, ana M enye gị ìhé nke a. Nọgide n'ime ihe ahụ ma mee ka o ruo mmadụ niile. Ọ ga-abụ akụrụngwa dị egwu iji bute ọtụtụ nchegharị, ma mechie, ma ọ ga-ekwe ime, ọnụ-ụzọ ọkụ ala mmụọ, maka na ugbu a, ana M ekwegharị nkwa M, nke ga-adị ebighiebi:

NDỊ NIILE AHỤ JI AHA NNA NA-AKPỌKU M, ỌBỤLADỊ OTU UGBORO, AGAGHỊ ALA N'IYI, MANA HA GA-ENWE NDỤ EBEEBE N'ETITI NDỊ A HỌTARA.

Maka unu, ndị ga-arụ ọrụ n'ihi ebube M ma jiri onwe unu chụo aja iji mee ka a mata M, kwanyere m ugwu ma hụ M n'anya, ana M ekwe unu nkwa na ụgwọ-ọrụ unu buru ibu, maka na ana M agbakọ ihe niile, ọbụladị ntakịrị mbọ unu

gbara, ma aga M akwụ unu ụgwọ mmaji kwụrụ mmaji ebighiebi.

Dị ka M siri gwa gị, ọ dị mkpa ka Ụka dị asọ tinye n'ọrụ ofufe nke na-akwanyere Isi Mbido nke ụwa ugwu, Onye ahụ bịara wulite Ụka ma bụrụ Mkpụrụ-obi ya, Ịtọ n'ime Chukwu: Nna, Nwa na Mmụọ-nsọ.

Ụwa ga-anọrọ n'ihe ụkọ ganye na Ụka na mmadụ niile ejiri ofufe pụrụ iche kwanyere Pesin Atọ ndị a ugwu. Emeela m ka ọtụtụ mkpụrụ-obi mata maka ihe ụkọ a, mana ọtụtụ n'ime ha, n'amaghị ihe ha, azaghị oku M. Ndị ọzọ katara obi zie ndị kwesiri ekwesi ozi, mana ha ghariịpụrụ.

Ugbu a, oge nke M abịala. Mụ Onwe M na-abịa, iji mee ka mmadụ, ụmụ M, mata ihe ha aghọtabeghị n'uju ruo taata. Mụ Onwe m na-abịa iweta ire-ọkụ nke iwu ịhụnanya nke a ga-eji gbalie nnukwu okwute bụ ọgbatuhie gbara mmadụ okirikiri.

O o, ndị nke M hụrụ n'anya, mmadụ ndị bụ ụmụ M, tọọnụ onwe unu n'agbụ nke ekwensu kere unu ruo ugbu a, site n'ime ka unu nọgide n'ịtụ Nna Onye bụ ezi ịhụnanya egwu! Bịanụ, nọdebenụ M, unu nwere ikike ịgakwuru Nna unu; kpọgheenụ obi unu, rịọnụ Nwa M ka O nyere unu aka ịmata ịdị-mma M n'ebe unu nọ.

Unu ndị echiche ezighi ezi na iwu nke ekwensu ji n'agbụ tọpụnụ onwe unu n'agbụ óhù, ma bịakwute eziokwu kachasị eziokwu ndị ọzọ. Chetanụ Onye kere unu, Onye bụ Nna unu. Unu akpọchila ntị wee na-efe ma ọ bụ akwanyere ndị dufiere unu ụzọ ugwu; kama bịakwute M, ana M eche unu n'ihi na unu bụ ụmụ M.

Ma unu ndị nọ n'ezi ìhè, gwanụ ha etu ibi ndụ n'eziokwu siri dị ụtọ! Gwakwuo ndị Otu Kristi ahụ, ihe ekereke m ndị ahụ bụ ụmụ M, etu o siri dị ụtọ icheta na e nwere Nna, Onye na-ahụ ihe niile, maara ihe niile, na-egbo mkpa ihe niile, Onye dị mma ebeebe, Onye na-agbaghara ngwangwa ma jiri nwanyọ na obi esighị-ike na-ata mmadụ ahụhụ. Gwa ha ka ha bịakwute M: aga M enyere ha aka, aga M eme ka ibu arọ ha dị mfe, ma mee ka ndụ ha siri ike dị ụtọ. Aga M eme ka ịhụnanya Nna na-egbu ha ka mmanya, iji mee ka ha nwee ọṅụ ugbu a na mgbe ebighiebi.

Ma unu, ụmụ M, ndị okwukwe ha furu efu, ha wee na-ebi ndụ n'ime ọchịchịrị, welienụ anya ka unu hụta ìhè, nke na-abịa ịfụke unu.

Abụ M anyanwụ nke na-achawapụta, ná-àdá ọkụ, ma na-adagharị ọkụ. Lee anya ka unu ghọta na abụ M Onye Okike na Nna unu, otu na naanị Chukwu unu. Ọ bụ n'ihi na M hụrụ unu n'anya ka M jiri bịa ime ka unu hụ M n'anya, ka e wee zọpụta unu.

Ana M agwa mmadụ niile n'ụwa gbaa gburugburu okwu, ma na-arịọ ka unu ghọta na ịhụnanya M dị ka Nna bụ ihe na-adịgide.

Gosinụ ịhụnanya oge niile, mana gosikwanụ ndị ọzọ etu e si ahụ Nna n'anya, ka M wee malite taata gosi unu niile Nna, Onye hụrụ unu n'anya nke ukwu.

Ma ụmụ M, ndị nwoke M hụrụ n'anya: ndị ụkọchukwu na ndị mọnkụ, ana M amanye unu ka unu mee ka a mata ịhụnanya Nna, nke M nwere n'ebe mmadụ nọ, tụmadị unu onwe unu. Iwu megidere na unu ga-arụ ọrụ iji mee ka e mejupute nzube M n'ebe mmadụ niile nọ, tinyere unu onwe unu. Ọ bụ ka e nwee ike ịmata M, kwanyere M ugwu ma hụ M n'anya. Unu ahapụla ịhụnanya M ka o jie oyi ogologo oge, n'ihi na ọ na-agụ M agụụ ka a mata M!

Narị afọ nke a nwere isi ọma karịa ndị ọzọ. Unu ekwela ka ohere a gafere, n'ihi na ikekwa agaghị ahụkwa ya ọzọ! Ọtụtụ mkpụrụ-obi chọrọ mmetu aka nke Nna, ma oge na-aga; unu atụla ụjọ ihe ọ bụla, abụ M Nna unu; aga M enyere unu aka n'ịgba mbọ na ọrụ unu. Aga M enye unu ike oge niile, ma mee ka unu ṅụrịa n'ụwa ebe a site n'udo na aṅụrị nke mkpụrụ-obi. Aga M eme ka nzuko unu na ọrụ unu dị iche iche mịta ezi mkpụrụ. Nke a bụ ihe onyinye dị oke ọnụ ahịa, n'ihi nna mkpụrụ-obi nwere udo na ọṅụ anọrọla n'eluigwe wee na-eche ụgwọ-ọrụ ya dị ebighiebi.

Eziri m Nnukwu Ụkọchukwu M, Poopu, Onye Nnọchite M n'elu ụwa ozi a, iji mee ka e kwusaara mba niile dị n'ụwa mkpa ọ dị ife Obi dị Asọ Jesu Nwa M ofufe. Ugbu a, ana M ahanye ọrụ a n'aka ya, nke bụkwa otu ọrụ Jesu bịara ịrụ n'elu ụwa: ka e tòó M site n'ime ka a mata M etu M dị, etu M si agwa mmadụ niile, ihe ekereke M na ụmụ M.

Ọ bụrụ na mmadụ nwere ike ịbanye n'ime Obi Jesu, n'ime mmasị Ya na ebube Ya, ọ ga-achọpụta na ihe nke kachasị n'ọchịchọ-obi Ya bụ ito Nna, Onye zitere Ya, tinyere ime ka ebube Ya hapụ ịda karịa etu ọ dị ruo ugbu a. Ọ chọrọ ka mmadụ niile nye M otito n'uju, n'ihi na abụ M Nna, Onye kere ha, ma bụrụkwa Isi Mbido nke Nzọpụta ha!

Ana M arịọ mmadụ ihe o nwere ike inye M: ntụkwasị-obi ya, ịhụnanya ya na otito ya. Ọ bụghị na M chọrọ ka ihe ekereke M mata M, kwanyere M ugwu ma hụ M n'anya, kama na ihe M jiri butuo Onwe M ala n'ebe mmadụ nọ bụ iji zọpụta ya, ma nye ya òkè n'ime ebube M. Ọzọ kwa, eji M ịdị-mma na ịhụnanya M chọpụta na mmadụ nke M si n'ihe efu kèé, ma nwere ya dị ka ezi ụmụ M, bịara soro ekwensu gharịpụ n'ime ọnọdụ ọjọọ ebeebe. Ha si etu a chefuo ebumnoobi e jiri kee ha, ma oge na ndụ ebeebe na-aganarị ha!

Ọ bụrụ na o nwere ihe M chọsiri ike karịa n'oge ugbu a, ọ bụ naanị ime ka ndị ezi omume na-anụ ọkụ, ka ịtọghe ndị mmehie dị mfe, ka ntọghe ha tọọ atọ, tinyere ka ụmụ lara akụ

n'iyi lọghachi n'ụlọ Nna ha. Ọ bụ ndị Jiu ka M na-arụtụ aka kpọmkwem, tinyere ndị ọzọ bụ ihe ekereke m na ụmụ M nke gụnyere ndị nkewa, ndị okwukwe ha ezughị oke, ndị ekweghị na Chukwu na otu nzuzo dị iche iche. Achọrọ M ka ụwa niile mata na e nwere Chukwu na Onye Okike. Chukwu nke a bụ Onye ga-agwọ ha ọrịa amaghị ihe ha niile, mana ha amaghị Ya; ha amaghị na abụ M Nna ha.

Kwenye na M, unu ndị na-ege M ntị, dị ka unu na-agụ okwu a: ọ bụrụ na mmadụ niile ndị abụghị ndị Ụka Katọlik nụrụ ka ndị mmadụ na-ekwu maka Nna, Onye hụrụ ha n'anya, Onye Okike na Chukwu ha, Onye chọrọ inye ha ndụ ebeebe, ọtụtụ n'ime ha, ma ndị na-agba isi akwara ga-abịakwute Nna, nke unu kwuru okwu banyere Ya.

Ọ bụrụ na unu enweghị ike ịgakwuru ha ma gwa ha okwu n'onwe unu, chọọnụ ụzọ ọzọ, maka na ụzọ e si egbu oke dị ọtụtụ. Tinyenụ n'ọrụ ezi mmụọ nke mgbasa Ozioma. Ana M ekwe unu nkwa na mbọ unu ga-amịta ezi mkpụrụ site n'amara M. Meenụ onwe unu ndị Ozioma nke ịdị-mma M dị ka Nna, unu ga-adị ike n'ọrụ unu na-arụ n'etiti ọtụtụ mkpụrụ-obi site n'ike nke M ga-enye unu.

Aga M anọdebe unu ma nọrọ n'ime unu oge niile: ọ bụrụ na mmadụ abụọ n'ime unu nọkọrọ ọnụ na-ekwu okwu, aga M anọnyere unu; ọ bụrụ na ha karịa, aga M anọ n'etiti unu. Unu ga-ekwu ihe M kpalitere n'ime mmụọ unu, ma aga M eme ka

ndị na-ege unu ntị nụrụ ihe unu kwuru. N'ụzọ dị etu a, a ga-eji ịhụnanya merie mmadụ ma zọpụta ya maka ebeebe niile.

Banyere ụzọ a ga-esi kwanyere M ugwu etu M siri chọọ, naanị ihe M na-arịọ unu bụ oke ntụkwasị-obi. Unu echekwala na M chọrọ ọtụtụ ihe ụkọ n'etiti unu: achọghị m ka unu jiri obo-ụkwụ na-agagharị ma ọ bụ tie ntụ n'ihu unu. Mba, mba! Ọ ga-amasị M ka unu kpaa agwa dị ka ụmụ M, site n'ịtụkwasị M obi!

N'ime unu ka M ga-eji bụrụ ihe ọ bụla n'ebe mmadụ niile nọ: Nna dị nwanyọ na ịhụnanya. Mụ na unu ga-adị na mma, ma aga M enye unu niile Onwe M, wee mee Onwe M ka M dị ńtà, iji mee ka unu dị ukwuu ebeebe.

Imeriime ndị ekweghị ekwe, ndị ajọ mmadụ na ogbe dị iche iche na-erugharị na mmehie, n'ihi na ha chere na M na-arịọ ha ihe ha apụghị ime. Ha na-anabata iwu M dị ka ndị ohu nke onye- eze afọ tara mmiri, onye ike ọchịchị na ngala mere ka ọ kpachapụ ụmụazụ ya, iji manye ha ka ha kwanyere Ya ugwu. Mba mba! Ụmụ M, amaara M etu M ga-esi mee Onwe M nta, ma pekarịa etu unu siri chee.

Ka o si na dị, ihe M chọrọ bụ ịkwụdosi ike n'idowe iwu ndị M nyere Ụka, ka unu bụrụ ndị maara ihe ma hapụ ịkpa agwa dị ka anụ ọhịa site n'enweghị iwu na ajọ omume unu. Nke a ga-

eme ka unu chekwaa mkpụrụ-obi unu, nke bụ ihe ọma M nyere unu, ma jiri ịdị-mma nke Chukwu chọọ ya mma.

Meenụ ihe M gwara unu dị ka o siri bụrụ mmasị M: jirinụ ofufe pụrụ iche kwanyere M ugwu. Nke a ga-eme ka unu mata nzube M, inye unu ọtụtụ uru ma mee ka unu keta oke n'ike na ebube M. Nke a ga-enye unu ọṅụ na nzọpụta, ma zipụta ihe bụ naanị ọchịchọ-obi M: ịhụ unu n'anya; unu ahụkwaazị M n'anya.

Ọ bụrụ na unu hụrụ M n'anya dị ka ụmụ M kwụdosiri ike, unu ga-ahụkwa Ụka M na-anọchite M n'anya ma rubere ya isi. Ọ bụghị ụdị nrube-isi nke unu na-ezipụta ugbu a, nke kewapụrụ unu n'ebe M nọ, n'ihi na unu na atụ M egwu. Nrube-isi nke unu nwere ugbu a tara nchara, ma bụrụ iji ihe ezighị ezi kwụọ ụgwọ ihe ziri ezi. Ọ na-emepu M ọnya n'ime mkpụrụ-obi M n'ihi na unu na-echezo ịhụnanya nke Nna nwere n'ebe unu nọ, wee na-akwa ya emu.

Ụdị nrube-isi meremere n'ihu, gwọmpịtị n'azụ bụ ihe na-ewutekarị M n'ebe ndị nke M, Izreel nọ, ma bụrụkwa ihe na-emekpa M ahụ banyere ndị ụwa taata. N'ezie, onye iro mmadụ jiri ya dubanye ya n'ife arụsị na ime arụ dị iche iche. Ọ ka na-eji ya, ma ka ga-eji ya na-emegide unu, iji mee ka unu gbaara eziokwu nke Ụka M na Mụ Onwe M ọsọ. O o, unu ekwela ka onye iro rafuo unu, kwenyenụ n'eziokwu nke a na-ekpughere unu, ma gaanụ njem n'ime ìhé nke eziokwu a.

Ụmụ M, unu ndị abụghị ndị Ụka Katọlik kwesiri ịmata na e kewapụghị unu n'ịhụnanya nke Nna. Eji M nwanyọ na-arịọ unu arịrịọ a, n;ihi na unu bụkwaazị ụmụ M. Ọ bụrụ na unu na-ebi ndụ n'ime ekwensu ruo ugbu a, ghọtanụ na ọ rafuru unu. Bịakwutenụ M, Nna unu, ma aga M eji ọṅụ na ịhụnanya nabata unu!

Ma gị, onye maara naanị okwukwe Ụka nke nyere gị ọzụzụ, ma okwukwe Ụka ahụ ezighị ezi, mepee anya gị. Nna gị, Onye kere gị, nọ ebe a, ma chọọ ka Ọ zọpụta gị. Abịakwutere M unu, iji wetara unu eziokwu na nzọpụta. Ahụrụ m na unu amaghị M, ma hapụ ịchọpụta na naanị ihe M chọrọ bụ ka unu mata M dị ka Nna, Onye Okike na Onye Nzọpụta unu. Ọ bụ amaghị ihe nke a mere na unu enweghị ike ịhụ M n'anya. Ghọtanụ na M anọteghị aka, dị ka unu siri chee.

Kedu etu M ga-esi hapụ naanị unu, ma ekere M unu ma nwere unu dị ka ụmụ nke ịhụnanya M? Eso M unu aga ebe niile, ana M echekwa unu oge niile, iji mee ka ihe niile gbaa aka-ebe na M na-emepuru unu, n'agbanyeghị na unu na-echefu ịdị-mma M dị ebeebe. Nchefu nke a na-eme ka unu kwuo: "Ọnatarachi na-enye anyị ihe niile; ọ na-eme ka anyị dị ndụ ma nwụọ ọnwụ." Ugbu a bụ oge amara na ìhè. Matakwanụ na abụ M naanị ezi Chukwu!

Iji mee ka unu weta ezi aṅụrị na ndụ a na n'ụwa ọzọ, achọrọ M ka unu mee ihe M na-ezi unu n'ime ìhé a. Oge dị nwa

nkenke, ekwela ka ịhụnanya nke a na-enye mkpụrụ-obi unu funarị unu. Ana m arịọ ka onye ọ bụla sonye na Misa dị Asọ, dị ka o siri dị n'usoro Ụka; ọ na-enye M nnukwu ọṅụ! E mechaa, aga M enye unu ọtụtụ nkenke ekpere, mana achọghị m ibunye unu ibu dị arọ! Ihe kachasị mkpa ga-abụ ịkwanyere m ugwu, dị ka M gwara unu site n'iguzowe mmemme n'Aha M, ma jiri umeala nke ezi ụmụntakịrị fee M dị ka Chukwu, Nna, Onye Okike na Onye Nzọpụta agbụrụ mmadụ.

Leekwa ihe ọzọ, iji mata ịhụnanya nke Nna n'ebe mmadụ nọ. Ụmụ M, agaghị agwa unu ihe niile banyere nnukwu ịhụnanya M dị ebeebe. Naanị ihe unu ga-eme iji chọpụta ógó ịhụnanya m n'ebe unu nọ bụ ịgụ Akwụkwọ-Nsọ, ile anya n'ukwu Obe, n'ebe nchụaja na Sakramentị dị Asọ.

Ka o si na dị, iji gosi unu na M chọrọ ka unu mejupute nzube M banyere unu, ma mee ka a mata M nke ọma wee hụ M n'anya, achọrọ M, tupu M ekwuchaa okwu ndị a, igosi unu ọtụtụ ihe aka-ebe nke ịhunanya M n'ebe mmadụ nọ!

N'ebe mmadụ anaghị ebi ndụ n'eziokwu, ọ gaghị enweta ezi nnwereonwe. Ụmụ M, unu chere na unu nwere aṅụrị na udo, mana ezi iwu anaghị achị unu, iji weta nrube-isi, nke m kwooro wee kee unu. Mana n'ine ala obi unu, unu chọpụtara na unu enweghị ezi udo ma ọ bụ aṅụrị, tinyere na unu enwebeghị ezi nnwereonwe nke Onye kere unu, ma bụrụ Chukwu Nna unu!

Mana unu, ndị na-edowe ezi iwu, ma ọ bụ ndị kwere nkwa iso ụzọ iwu nke M nyere iji weta nzọpụta, mechara kwe ka ajọ omume dubanye unu n'ime ihe ọjọọ. Unu adaala iwu site n'ịkpa ajọ agwa. Unu chere na unu nwere aṅụrị? Mba. Unu maara na mkpụrụ-obi unu enweghị ezumiike. Unu echere na ịchọ ihe ụtọ nke ụwa na ihe dị iche iche na-enye mmadụ ọṅụ ga-enye mkpụrụ-obi unu afọ ojuju? Mba. Ka M gwazie unu, unu agaghị enwere onwe unu n'ezie ma ọ bụ nwee ezi aṅụrị ruo mgbe unu ghọtara na M bụ Nna unu, ma rube isi n'agbụ M ga-eke unu dị ka ezi ụmụ nke Chukwu, Nna unu. Maka gịnị? N'ihi na M kere unu maka otu ebumnoobi: ka unu mata M, hụ M n'anya ma gbaara M odibo, etu nwa tụkwasịrị nna ya obi si agbara ya!

Otu mgbe, n'Akwụkwọ Agba-Ochie, mmadụ kpara agwa dị ka anụ ọhịa. Ha echekwaghị ákàrà ọ bụla e jiri mara ha dị ka ụmụ nke Chukwu, Nna ha. Mgbe ụfọdụ ana M eyi ha egwu, iji mee ka ha ghọta ọnọdụ dị ùgwù nke M chọrọ ka ha nọrọ dị ka ụmụ nke Chukwu. N'ikpeazụ, ka M chọpụtara na ụfọdụ n'ime ha nwere ikike nghọta, ma kewapụ onwe ha n'ebe anụ ọhịa ndị ahụ nọ, amalitere M inye ha ọtụtụ úrù, ma meekwa ka ha merie ndị enweghị ike ịghọta ma chekwaa ugwu ha. Ma ka ha na-abawanye n'ọnụọgụ, ezigaara m ha Nwa M. E ji ihe enweghị atụ nke Chukwu zuru oke chọọ ya mma, n'ihi na Ọ bụ Nwa Chukwu zuru oke. Ọ bụ Ya gosiri ha ọtụtụ ụzọ nke e ji ezu oke. Site n'ịhụnanya M dị ọkpụ, esi M n'ime Ya kpọlite

unu dị ka ezi ụmụ M. Kamgbe ahụ, akpọbeghị M unu naanị ihe "ekereke" kama "ụmụaka" M.

Eyikwasara M unu ézí mmụọ nke iwu ọhụrụ, dị ka ùwé, nke mere ka unu dị iche n'ebe anụ ọhịa nọ. Unu adịghị ka mmadụ, ndị e nyere iwu ochie, kama bulitere M unu elu karịa ndị Agba-Ochie. Ebulitere m unu niile n'ùgwú nke ịbụ ụmụ nke Chukwu. Éē, unu bụ ụmụ M, ma iwu bụ na unu ga-agwa M na abụ M Nna unu. Tụkwasịnụ obi n'ime M, dị ka ụmụaka si eme, n'ihi na e wepu ntụkwasị-obi nke a, unu agaghị enwere onwe unu n'ezie.

Ihe niile M na-agwa unu bụ iji mee ka unu chọpụta na M bịara itinye ịhụnanya n'ọrụ, inyere unu aka ka unu tọpụ mkpụrụ-obi unu n'agbụ, ma nwee ike irite erere nke ezi nnwereonwe, mgbe ezi ọnụ bịara. Aṅụrị nke ụwa bụ íhé éfù, ma a tụnyere ya ezi ọnụ nke a. Bulitenụ onwe unu n'ùgwú nke ụmụ nke Chukwu, ma mụtanụ ịkwanyere ịdị-ukwu nke unu ùgwù. N'oge ahụ, aga M abụ Nna unu karịa etu M bụ n'oge dịbu adị: Nna kachasị nna ndị ọzọ dị ebere na ịhụnanya.

Abịara M iji ọrụ nke ịhụnanya wetara unu udo. Aga M eme ka ile-ọkụ nke udo M dakwasa onye ọ bụla nke na-akwanyere M ugwu ma tụkwasị M obi, ma mee ka o nwere onwe ya na nsogbu, nchekasị, ahụhụ na mkpagbu ya niile, tụmadị ma ọ bụrụ na ọ na-akpọku M, ma hụ M n'anya dị ka Nna ya.

Ọ bụrụ na ezinụụlọ dị iche iche akwanyere M ugwu, ma hụ M n'anya dị ka Nna ha, aga M enye ha udo, tinyere ihe ńkètá-òkè M. Ọ bụrụ na ndị ọrụ-aka, ndị na-azụ ahịa na ndị ọrụ-nka dị iche iche akpọkuo ma kwanyere M ugwu, aga M enye ha udo na íké M, ma gosi Onwe M dị ka Nna nke amara na ebere. Ọ bụrụ na ogbe ndị Otu Kristi ọ bụla akpọkuo ma kwanyere M ugwu, aga M enye ya udo M, ma gosi Onwe M dị ka Nna kachasị ihụnanya, nke ga-eme ka ọtụtụ mkpụrụ-obi weta nzọpụta ebeebe site n'íké M.

Ọ bụrụ na mmadụ niile akpọkuo ma kwanyere M ugwu, aga M erukwasa ha mmụọ nke udo, dị ka ḿmírí-ímō dōrō èdò.

Ọ bụrụ na mba niile dị n'ụwa akpọkuo ma kwanyere M ugwu, agaghị enwekwa ọgbaaghara ma ọ bụ agha, n'ihi na abụ M Chukwu nke udo, ma agaghị enwe agha n'ebe M nọ.

Ị chọrọ ituru ùgò mmeri n'ebe onye iro gị nọ? Kpọkuo M, ma merie ya.

N'ikpeazụ, unu maara na M ji ike ime ihe niile. Ọ dị mma, ana M enye unu niile ike nke a, ka unu tinye ya n'ọrụ ugbu a ma ụwatụwa niile. Aga M egosi Onwe M oge niile dị ka Nna unu, ma ọ bụrụ na unu ga-egosi onwe unu dị ka ụmụ M.

Kedu ihe M chọrọ iji ọrụ nke ịhụnanya mejupute ma ọ bụrụ na ọ bụghị ịchọta mkpụrụ-obi nwere ike ịghọta M? Abụ M

adịmaasọ ahụ, nke bụ ihe M nwere ma na-ezipụta ya n'ùjú. Site na Mmụọ-nsọ M, ana M enye unu adịmaasọ nke a, nke M bụ Isi Mbido ya, ma ana M etinye ya n'ime mkpụrụ-obi unu site na mmeri nke Nwa M.

Ọ bụ site na Nwa M na Mmụo-nsọ ka m ji abịakwute unu ma nọrọ n'ime unu; n'ime unu ka M chọrọ ezumiike.

"Ana M abata n'ime unu" ga-abụ ihe omimi n'ebe ụfọdụ mkpụrụ-obi nọ, mana ọ bụghị ihe omimi! N'ihi na ebe M gwara Nwa M ka O guzowe Eukarịstịa dị Asọ, ọ bụ nzube M ịbịakwute unu n'oge ọ bụla unu natara Oriri dị Asọ!

O nweghị ihe gbochiri M ịbịakwute unu tupu Eukarịstịa dị Asọ amalite, n'ihi na o nweghị ihe M apụghị ime! Mana ịnata Oriri dị Asọ bụ emume dị mfe ịghọta, ma na-egosi etu M si abịakwute unu!

Mgbe M nọ n'ime unu, ọ ga-adịkarị mfe inye unu ihe nketa-oke M, ma ọ bụrụ na unu arịọ M maka ya.

Site na Sakramentị dị Asọ, Mụ na unu jikoro ọnụ wee bụrụ otu. Ọ bụ n'ime ịdịnootu nke a ka ịhụnanya M ga-esi rupute, ma mee ka adịmaasọ M banye n'ime mkpụrụ-obi unu.

Enyere m unu ịhụnanya M n'uju. Naanị ihe unu ga-arịọ M bụ ezi omume na ezumooke, nke bụ ihe unu chọrọ, ma unu ga-eji

n'aka na agaghị M ajụ inye unu ihe ọ bụla, tụmadị n'oge a Chukwu bi n'ime ụmụ Ya.

N'ebe unu maara ebe ezumiike nke na-amasị M, ọ bụ na unu agaghị enye M ya? Abụ M Nna na Chukwu unu; unu nga-ajụ inye M nke a? Oo, unu ekwela ka M taa ahụhụ n'ihi afọ ịta mmiri nke unu na-egosi Nna, Onye na-arịọ unu naanị otu ihe maka Onwe Ya.

Tupu M mechie ozi a, achọrọ M ikwupute ọchịchọ-obi M banyere ọtụtụ mkpụrụ-obi e doro asọ maka ịgbara M odibo. Mkpụrụ-obi ndị ahụ gụnyere unu, ndị ụkọchukwu na ndị niile chiri echichi Ụka. E tere unu ude ịgbara M odibo, ma ọ bụ n'ụdị iche echiche banyere ndụ, ọrụ ebere ma ọ bụ ọrụ ịgbasa Ozioma. N'akụkụ M, ọ bụ ugwu e nyere unu site n'ịdị-mma M, ma n'akụkụ unu, ọ bụ nkwụdosi ike n'ọrụ, tinyere ezi omume unu.

Nke a bụ mmasị M: unu, ndị ọ dị mfe ighọta ihe M chọrọ n'aka mmadụ, rịọnụ M arịrịọ, ka M nwee ike imejupute ọrụ nke ịhụnanya M n'ime mkpụrụ-obi niile. Unu maara ihe ọgbatuhie niile a ga-agafe, iji kụta mkpụrụ-obi! Nke a bụ akụrụngwa dị ire, nke ga-enyere unu aka n'ịkpọbatara m ọtụtụ n'ime ha: akụrụngwa a bụ ime ka mmadụ mata M, hụ M n'anya ma kwanyere M ugwu.

Achọrọ M ka unu bụrụ ndị nke mbụ ga-amalite ime nke a. Ọ ga-abụrụ M ihe oke ọṅụ ịbanye n'ụlọ ndị ụkọchukwu na ndị e chiri echichi Ụka!

Olee etu ọṅụ M ga-adị ịhụ Onwe M dị ka Nna n'etiti ụmụ nke ịhụnanya M! Mụ na unu ga na-akparịta ụka dị ka ezigbo enyi! Aga M abụrụ unu Onye Ntụkwasị-obi kachasị n'idowe ihe nzuzo unu. Aga M abụrụ unu ihe niile, ma gbooro unu mkpa niile! Nke kachasị bụ na aga M abụ Nna ahụ, Onye na-anara arịrịọ unu, Onye na-erukwasa unu ịhụnanya Ya, ọtụtụ úrù Ya na ịdị-nwanyọ Ya zuru ụwa ọnụ.

Unu agaghị ajụ inye M aṅụrị nke a, nke M chọrọ ka Mụ na unu nwekọrịta! Aga M akwụghachi unu ụgwụ ya mmaji kwụrụ mmaji, ma dị ka unu ga-akwanyere M ugwu, aga M akwanyekwara unu ugwu, site n'ịkwadoro unu oke ebube n'Alaeze M! Abụ M ìhé nke ọtụtụ ìhè: a ga-enwe ndụ, achịcha na aṅụrị n'ebe ọ batara. Ìhé nke a ga-amụnye ọkụ n'ime ndị njem ala-nsọ, ndị ekweghị ekwe na ndị amaghị ihe. Ọ ga-amụnye ọkụ n'ime unu niile, ndị bi n'ime ụwa nke a juputere n'ọchịchị na arụ. Ọ bụrụ na unu enweghị ìhè M, unu ga-adabanye n'ime ndagwurugwu nke ọnwụ ebeebe!

N'ikpeazụ, ìhè nke a ga-amụnye ọkụ n'ụzọ nke ga-eduba ụmụ nke nzuko, ndị okwukwe ezighị ezi kere agbụ, n'ezi Ụka Katọlik. Aga M egosi Onwe M dị ka Nna n'ebe ndị takarịsịrị ahụhụ n'elu ụwa nọ, ndị ekpenta bụ ogbenye.

Aga M egosi Onwe M dị ka Nna nke ndị a jụrụ ajụ, ndị a chụpụrụ n'obodo ọ bụla. Aga M egosi Onwe M dị ka Nna ndị nọ na mkpagbu, ndị ọrịa, ọkachasị ndị na-ata ikikere eze. Aga M egosi Onwe M dị ka Nna nke ezinụụlọ niile, nke ụmụ ógbè, ndị ajadụ, ndị nga, ndị ọrụ na nke ndị ntorobịa. Aga M egosi Onwe M dị ka Nna ndị ézè, Nna nke ogbe ọchịchị ha. Unu niile ga-ahụta ịdị-mma M na nchekwa M; unu niile ga-enweta ike M!

Ka mmadụ niile nara ngọzị Nna M. Amen!

Tụmadị maka Nwa M, Onye Nnọchite M. Amen!

Tụmadị maka Nwa M, bishọp. Amen!

Tụmadị maka Nwa M, nna ime mmụọ nke unu. Amen!

Tụmadị maka ụmụ ada M, ndị nne unu.Amen!

Maka Ụka niile na ndị ụkọchukwu niile. Amen!

Ka Ụka nọ na pọgatịrị nara ngọzị pụrụ iche. Amen! Amen!

Ekpere Maka Nna

Site na Ya, n'ime Ya na n'aka Ya

Chukwu bụ Nna m

Nna M nọ n'eluigwe, lee ka o siri dị ụtọ ịmata na Ị bụ Nna M, mụ abụrụ Nwa Gị!

Tụmadị mgbe urukpu nke mkpụrụobi m gbara ọchịchị, mgbe obe m dị arọ karịa, ana m achọpụta mkpa ọ dị ikwuputere Gị ugboro ugboro sị: Nna, ekwere m n'ịhụnanya Gị n'ebe m nọ!

Éē, ekwere m na Ị bụ Nna m n'oge ọ bụla na ndụ m, ma abụ m nwa Gị!

Ekwere m na I ji ịhụnanya dị ọkpụ hụ m n'anya!

Ekwere m na Ị na-elekọta m anya ehihie na abalị, ma o nweghị ntutu isi m ga-adapụ n'abụghị n'ikike Gị!

Ekwere m na Ị makarịrị m ihe ga-adị m mma, site n'amamiihe Gị dị ọkpụ.

Ekwere m na I nwere ike isi n'ajọ ihe wepute ihe dị mma, site n'ike Gị dị ọkpụ.

Ekwere m na Ị na-eme ka ndị hụrụ Gị n'anya weta ihe niile, site n'ịdị-mma Gị dị ọkpụ; ma n'aka ndị na-akụ m ihe mgbe m susuru ọnụ aka Gị na-agwọ ọrịa!

Ekwere m, mana mee ka okwukwe m, olileanya m na ịhụnanya m bawanye! Kuziere m oge niile ka ịhụnanya Gị na-edu m n'ihe ọ bụla na ndụ m. Kuziere m ịhanye onwe m n'aka Gị, etu nwa- ntakịrị si anọ n'aka nne ya. Nna, Ị mazuru ma na-ahụzu ihe niile; Ị maara m karịa etu m siri mara onwe m; I nwere ike ime ihe niile, ma Ị hụrụ m n'anya!

Nna m, n'ebe ọ bụ mmasị Gị ka anyị bịakwute Gị oge niile, eji m ntụkwasị-obi bịa ịrịọ Gị na Jesu na Maria ... (n'ebe a, rịọ ihe ọ bụla ị chọrọ).

Maka ebumnoobi nke a, ma n'itinye onwe m n'ime Obi ha kachasị dị Asọ, ana m erunyere Gị ekpere m niile, àjà na ahụhụ m niile, ihe niile m na-eme na ịkwụdosi ike n'ọrụ m niile (*).

Nye m ìhè, amara na ike nke Mmụọ-nsọ!

Gbasie m ike n'ime Mmụọ nke a, ka m ghara ịhapụ Ya, kpasue Ya iwe ma ọ bụ mee ka O juo oyi n'ime m. Nna m, arịọrọ m n'aha Jesu, Nwa Gị! Ma Gị, O Jesu, meghee Obi Gị, ma tinye nke m na Mary n'ime Ya wee chụnyere ya Chukwu Nna anyị. Natara m amara nke m chọrọ!

Chukwu Nna, kpọkuo mmadụ niile ka ha bịakwute Gị. Ka ụwa niile kpupute ịdị-mma nke Nna na ebere Chukwu!

Bụrụ Nna dị nwanyọ n'ebe m nọ, ma chekwaa m n'ebe ọ bụla m nọ, dị ka onye ị hụkarịsịrị n'anya. Mee ka m bụrụ oge niile nwa nwoke/nwaanyị tozuru etozu; meere m ebere!

Chukwu Nna, olileanya dị ụtọ nke mkpụrụobi anyị. Ka mmadụ niile mata Gị, kwanyere Gị ugwu, ma hụ Gị n'anya!

Chukwu Nna, rukwasa mmadụ niile ịdị-mma Gị dị ọkpụ. Ka mmadụ niile mata Gị, kwanyere Gị ugwu, ma hụ Gị n'anya!

Chukwu Nna, mmiri-imo na-edo mmadụ ahụ. Ka mmadụ niile mata Gị, kwanyere Gị ugwu, ma hụ Gị n'anya!

Nne EUGENIA
Ntakịrị Ọpịpịa
+GIRARD, Vika Apọstọlik nke Cairo, 9 October, 1935 +JEAN, Cardinal VERDIER - Achịbishọọp nke Paris, 8 May 1936

(* "Ọ bụrụ na a ga-ekpe ekpere a dị ka novena, gbakwụnye: Ekwere m nkwa imepu aka, tụmadị n'ime ụbọchị iteolu ndị a, ma ọ dapụtara mmadụ ndị a .....")

Rozarị nke Nna

Rozarị nke Nna bụ ekpere Chukwu nyere anyị nke nwere ihe omimi ise. O kpokọtara akụkọala nke mmadụ, nke nwere nchekwa ịhụnanya Nna, Onye mejuputere atụmatụ Ya banyere ndụ bido na mmalite okike ruo n'inye mmadụ nzọpụta. Rozarị nke a bụ akara nke oge ugbu a e ji ahụta nlọghachi Jesu, Onye ji "ike na ebube" abịa n'elu ụwa (Mt. 24:30). "Ike" bụ akara Chukwu enweghị atụ ("Ekwe m na Chukwu, Nna ji ike niile"); ọ bụ site na Jesu ka Nna siri bịa, ma ihe niile e kere eke ji oke agụụ na-eche mgbe a ga-egosipụta ndị bụ ụmụ Chineke (Rom. 8:19). Ka o si na dị, anyị agaghị eji Rozarị nke Nna nọchie Rozarị nke Mary; kama anyị kpechaa ihe omimi iri abụọ dị n'ime Rozarị Mary, anyị arịọ Nne anyị dị Asọ ka o soro anyị kpee Rozarị nke Nna, ka O mee ngwangwa budata Alaeze Ya n'elu ụwa nke a (Lk. 11:2).

Nna kwere anyị nkwa na mgbe ọ bụla anyị kpere ekpere "Nna Anyị nọ n'eluigwe" a ga-azọpụta ọtụtụ mkpụrụ-obi n'ala n'iyi, ma tọhapụ ọtụtụ mkpụrụ-obi nọ na Purgatory. Nna ga-enye ọtụtụ ezinụụlọ ndị na-ekpe Rozarị nke Nna amara pụrụ iche site n'agbụrụ ruo n'agbụrụ. Ndị niile ji okwukwe na-ekpe ya ga-anata ọtụtụ ọrụ ebube dị ukwu, nke a hụbeghị kamgbe Ụka malitere.

Kedu etu anyị ga-esi kpee ya?

N'aha Nna na Nwa na Mmụọ-nsọ,
O Chukwu, bịa nyere m aka.
Dinwenụ, mee ngwangwa nyere m aka.

Otito dịrị Nna na Nwa na Mmụọ-nsọ. Etu ọ dị n'izizi na kịta na ekpo niile. Amen.
Nna m ọma, enye m Gị onwe m.
Angelụ nke Chukwu, onye Chukwu rarụ m tinye n'aka ya, nye m ihe, chebe m, dube m na-achị m achị. Amen.

A na-ekwupute ihe omimi na mmalite ekpere a. A na-eji ntakịrị oge mee nchịgharị uche, tupu e kpee otu 'Ekene Marịa', 'Nna anyị bị n'eluigwe' ugboro iri na otu 'Otito dịrị Nna na Nwa na Mmụọ-nsọ' Na ngwụcha àgbá (decade) ọ bụla na Rozarị Nna, kpegharịa ekpere abụọ ndị a: "Nna m ọma ...", na "Angelụ nke Chukwu." Na ngwụcha Rozarị a, kpee Litany nke Nna na ekpere: "Nna, ahanye onwe m n'aka Gị na/ma ọ bụ "Nna, elu-ụwa chọrọ Gị"

N'ihe omimi nke mbụ, ka anyị cheta mmeri nke Nna n'ogige nke Eden, mgbe Adam na Eve mechara njọ, O wee kwe nkwa Onye Nzọpụta.

"Dinwenụ Chukwu sịrị agwọ ahụ: N'ihi na i mere nke a, a bụọla gị ọnụ karịa ụmụ anụmaanụ niile dị n'ọhịa na nke dị n'ụlọ; Ị ga-eji afọ gị na-aga ije, bịa na-ata aja ụbọchị niile nke ndụ gị. Aga M eme ka iro dịrị n'etiti gị na nwaanyị a, na n'etiti ụmụ gị na nke ya; ọ ga-azọpịa gị isi ma ị ga-ata ya n'ụkwụ" (Gen 3:14-15)

N'ihe omimi nke abụọ, ka anyị cheta mmeri nke Nna n'oge O kwuputere Mary dị ka Nne Jesu.

"Mmụọ-ọma ahụ sịrị ya, 'Atụla egwu, Marịa, n'ihi na ị nata la ngọzị n'aka Chukwu. Lee, ị ga-adị ime, mụta nwa nwoke; aha

ị ga-akpọ Ya bụ Jesu. Ọ ga-adị ukwuu, a ga-akpọkwa Ya Nwa Onye kachasị elu. Dinwenụ Chukwu ga-enye Ya oche-eze nna Ya, Devid. Ọ ga-achị ezinụụlọ Jekọb ebeebe; alaeze Ya agaghị enwe ọgwụgwụ. N'oge ahụ, Mariạ kwuru sị, 'Lee, abụ m odibo nwaanyị nke Oseburụwa, ka o reere m ka i siri kwu" (Lk. 1:30 ma nke na-esote ya).

N'ihe omimi nke atọ, ka anyị cheta mmeri nke Nna n'ogige nke Gethsemane n'oge O nyere Nwa Ya ike Ya niile.

"Jesu kpere ekpere sị, 'Nna, ọ bụrụ na ọ bụ uche Gị, wepuru M iko nke a. Ma etu o si na dị, ọ bụghị uche M, kama ka e mee uche Gị!' N'oge ahụ, otu mmụọ-ọma si n'eluigwe bịakwute Ya ka ọ gbaa Ya ume. Ka Ọ nọ n'ihe mgbu nke obi, O kpesiri ekpere ike; ọsịsọ si Ya n'Ahụ apụ dị ka ọkpụrụkpụ ọbara, na-atasa n'ala (Lk. 22: 42-46). N'oge ahụ, Ọ gakwuru ụmụazụ Ya sị ha: 'Unu ka na-arahụ ụra, na-ezuru ike? Lee, oge eruola nso, mgbe a ga-arara Nwa nke mmadụ nye n'aka ndị njọ. Bilienụ, ka anyị pụọ, lee onye na-arara M nye nọzị nso! (Mt. 26:45-46). Ma ebe Jesu maara ihe ga-adakwasị Ya , Ọ gakwuru ha, jụọ ha sị, 'Onye ka unu na-achọ?' Ha azaa Ya sị, 'Jesu, Onye Nazaret.' Jesu asị ha, 'ọ bụ M.' Mgbe Jesu zara ha sị, 'ọ bụ M,' ha lọghachiri azụ, ma daa n'ala" (Jn. 18: 4-6).

N'ihe omimi nke anọ, ka anyị cheta mmeri nke Nna n'oge Ọ na-eke ikpe ọ bụla.

"Ma mgbe ọ ka nọ n'ebe dị anya, nna ya hụrụ ya, nwee obi ebere n'ebe ọ nọ, gbara ọsọ, makụọ ya ma susukwaa ya ọnụ. Nwa ahụ sịrị ya, 'Nna m, emehiela m megide eluigwe ma

megidekwa gị, etosịghị ka a kpọkwaa m nwa gị ọzọ.' Mana nna ya sịrị ụmụodibo ya, 'Meenụ ọsịịsọ, chịpụtanụ uwe mwụda kacha mma, yibenụ ya, gbawanụ ya mgba-aka na akpụkpọ-ụkwụ; kpụpụtanụ nwa ehi gbara abụba, gbuonụ ya, ka anyị kpọọnụ oriri ma nweekwa aṅụrị; n'ihi na nwa m nke a anwụọlarị bịa dịkwa ndụ ọzọ, o fukwara efu, e wee hụ ya" (Lk. 15:20-24).

N'ihe omimi nke ise, ka anyị cheta mmeri nke Nna n'oge ikpe ikpeazụ.

"Mụ wee hụ eluigwe ọhụrụ na ụwa ọhụrụ. Eluigwe nke mbụ na ụwa nke mbụ agabigala. Oke osimiri adịghịkwa. Ahụkwara m obodo nsọ ahụ bụ Jerusalem ka o si n'eluigwe n'ebe Chineke nọ na-agbadata. A kwadoro ya, chọọ ya mma dị ka nwaanyị gaje izute di ya. Anụrụ m oke olu si n'oche-eze ahụ kwuo sị, 'Lee ebe obibi Chineke dị n'etiti ndị mmadụ. Ọ ga-ebinyere ha; ha ga-abụkwa ndị nke Ya. Chineke n'Onwe Ya ga-anọnyere ha.

Nna anyị nọ n'eluigwe, Ekene Marịa, Otito dịrị Nna maka Poopu.

Lịtanị nke Nna

Nna ji ike niile ebeebe: meere anyị ebere
Nna, nke ike Ya ga-adigide: meere anyị ebere
Nna, nke ịdị-mma Ya ga-adigide: ,,
Nna, nke ịdị nwanyọ ga-adigide: ,,
Nna, nke ịhụnanya Ya enweghị njedebe: ,,
Nna, ike nke amara: ,,
Nna, uju nke mbinite n'ọnwụ: ,,
Nna, ìhé nke udo: ,,
Nna, aṅụrị nke nzọpụta: ,,
Nna, nke bụ Nna karịa: ,,
Nna, nke ebere Ya na-adịgide: ,,
Nna, nke ụba Ya na-adịgide: ,,
Nna, nzọpụta nke ndị na-ada mba: ,,
Nna, olileanya nke ndị na-ekpe ekpere: ,,
Nna, dị umeala nye ndị na-eru uju: ,,
Nna, maka ndị enweghị enyemaaka: anyị arịọ Gị
Nna, maka ụmụ Gị ndị nọkarịsị n'ihe ụkụ: ,,
Nna, maka ụmụ Gị ndị ahụchaghị n'anya: ,,
Nna, maka ụmụ Gị ndị amaghị Gị: ,,
Nna, maka ụmụ Gị ndị na-erukarị uju: ,,
Nna, maka ụmụ Gị ndị a gbakụtara azụ karịa: ,,
Nna, maka ụmụ Gị ndị na-ahụsikarị anya: ,,
Nna, maka ụmụ Gị ndị na-agba mbọ
maka ọbịbịa Alaeze Gị: anyị arịọ Gị
Ka anyị kpee ekpere:
Nna, anyị arịọ Gị maka ụmụ Gị, maka nwa Gị ọ bụla na maka ụmụ Gị niile. Weta udo na nzọpụta n'aha Ọbara Jesu nwa Gị na n'aha Obi Maria, Nne Ya, nke na-eru uju. Amen.

Nna, ahanye m onwe m n'aka Gị

Nna, ahanye m onwe m n'aka Gị;
nwere m mee ihe masịrị Gị.
Ekene m Gị n'ihe ọ bụla Ị nwere ike ime.
Adị m nkwadobe maka ha, ịnabata ha niile.
Ka ọ bụrụ naanị uche Gị ga-eme n'ime m,
na n'ime ihe ekereke Gị niile,
Enweghị m mmasị ọzọ karịa nke a, O Dinwenụ
N'aka Gị ka m tinyere mkpụrụ-obi m:
Eji m ịhụnanya niile nke obi m nye Gị ya,
n'ihi na ahụrụ m Gị n'anya, Dinwenụ,
ma nwee mmasị inye onwe m,
ịhanye onwe m n'aka Gị
n'enweghị ihe fọdụrụ,
ma jiri ntụkwasị-obi enweghị ube,
Maka na Ị bụ Nna m.

Charles de Foucauld

"Nna, ụwa ma mmadụ chọrọ Gị, anyị niile chọrọ Gị; ikuku gbara ọchịchị ma gbarụọ agbarụ chọrọ Gị.
Anyị arịọ Gị, ezigbo Nna,
lọghachi ma gaa njem n'ime ọtụtụ ogbe nke ụwa;
lọghachi ma biri n'etiti ụmụ Gị;
lọghachi ma duwe mba niile;
lọghachi ma weta udo;
jiri ikpe-nkwụmọọtọ;
lọghachi ma weta ọkụ nke ịhụnanya Gị
ma nwụchapụ iru uju anyị,
Ka anyị nwee ike inwe ndụ ọhụrụ n'ime Gị"
Site na nkwado nke ụka *Giuseppe Casale, Achịbishọp nke Foggia 23.11.1988

Nna, nye m ike

Nna,
nye m ike inwe oke mmasị ịhụ Gị n'anya oge niile;
ka m jiri oge ọ bụla na-agafe ghọta;
na m enweghị ike ibi ndụ n'Ịhụnanya;
ka m nweta oke ahụhụ
banyere oge niile m nara n'iyi
na maka oge niile m nwere ike ịla n'iyi.

Nna,
nye mmụọ m iwu ka ọ na-ebi ndụ n'ịhụnanya oge niile;
ma ọbụladị mgbe ahụ m gahiere ụzọ;
ka mmụọ m hụ Gị n'anya oge niile,
Ma n'ime Gị, na Gị na n'ihi Gị,
ka m hụ ụwa niile n'anya
tinyere ihe ekereke ọ bụla nke nọchiri ụzọ m.

Nna,
naanị nke a ka m chọrọ.
Ma achọghị m ka enweghị ịhụnanya,
mee ka mmụọ m gbaa ọchịchị
ka ọ ga-abụ
mgbe m hụrụ ya n'oge ọnwụ m
Ọ ga-enye m ọṅụ ịhụ
ka o ji otu Ọkụ Gị na-amụke.

Ejinchọta Onye nkesa:

EMMANUEL UCHECHUKWU NWANKWỌ
(Otu nke Chukwu Nna, Naịjirịa)

E-mail
thefatherspeaks.africa@yahoo.com

Akara Ekwentị:

+2348054462455
+2348068877874

A ga-esi n'aka onye nkesa weta akwụkwọ a n'uju. Anyị ga-eji obi aṅụrị nabata ego onyinye iji kpọchie ego e jiri bipụta ma kesaa akwụkwọ a.

O wee ozi i nwere banyere amara ị natara ma ọ bụ atụmatụ i tinyere n'ọrụ dị ka o siri gbasata ozi ịhụnanya na ebere nke Nna, kpọtụrụ onye mbipụta ma ọ bụ ndị nkesa akwụkwọ a.

AZỤ AKWỤKWỌ

"Chukwu bụ Nna m!" A na-anụkarị mkpu a n'ụwa taata: ndị mmadụ amalitere ịchọpụta na Chukwu bụ Nna n'ezie.

N'ihi nke a, anyị chere na ọ bụ oke na ọrụ anyị ibipụta ozi a - bụ nke Ụka kwadoro ka a tụlechara ya ogologo oge - bụ Okwu Chukwu Nna nyere ụwa site n'aka Sista Eugenia Elisabetta Ravasio, onye hụrụ Ya n'anya nke ukwu.

Anyị chere na o kwesiri ekwesi ịkọwapụta akwụkwọ a site n'ikwupute aka-ebe nke Nnukwu Ụkọchukwu Alexandre Caillot, onye jibu ọkwa Bishọp nke Grenoble, gbara na ngwụcha ọrụ nnyocha malitere n'afọ 1935, nke nwere otu Bọọdụ ndị ọkachamara otu nzuko si ebe dị iche iche na France afọ iri.

Ndị otu a gụnyere Vicar General nke Nnukwu Ụkọchukwu ndị Grenoble, Msg. Guerry, ndị ọkachamara nkuzi nke Okwukwe, ndị Brother Ke Jesuit, Ụkọchukwu Albert na Auguste Valencin, bụ ndị ọnụ na-eru n'okwu n'ihe gbasara mmụta miri emi na nkuzi nke Okwukwe, bụ ndị maara ihe ekwe na-akụ n'ụdị okwu ahụ; tinyere ndị dibịa Oyibo abụọ, nke otu n'ime ha na-agwọ isi mgbaka.

Ka anyị hanyenụ mgbasa Ozi a n'aka Nne anyị dị asọ bụ Virgin Mary, ma site na Ya kpalite Mmụọ Nsọ, iji nyere ndị mmadụ aka ka ha ghọta umeala dị ọkpụ nke Nna nwere n'ebe onye ọ bụla n'ime anyị nọ.